# 11 ICHI ỌZỌ N'ALA IGBO

## Gịnị bụ ichi ọzọ?

Ichi ọzọ bụ otu n'ime nzere ndị Igbo nke nwere ugwu na nsọpụrụ. Ọ bụ nzere dịkarịsịrị elu n'ala Igbo, nke ndị Igbo jiri egosị onye nwere akụ na ụba. Ọ bụ ezie na ọzọ ezughị Igbo nile ọnụ ma e kwuwe ekwuwe akụkụ Igbo anaghị echi ọzọ nwekwara emume ha na–eme n'ọnọdụ ọzọ. Akụkụ Igbo ebe a na–echi ọzọ bụ ndị a: Nachị, Ngwo, Eke, Nsude, Abọ, Ụkana, Ọhụm, Afa na Umụlụmgbe n'ime Udi Divishọn; Oghe, Ọwa, Olo, Ọha, Ụmana, Iwolo, Ụmụmba na Obinọfịa n'ime Ezeagụ Divishọn; Ọraifite, Ọzụbụlụ, Amichi, Ụtụ, Ezinifite na Nnewi n'ime Nnewi Divishọn. Ndị ọzọ bụkwa Ọka, Ugwuọba, Ọnicha na Agụleri. N'Agụata Divishọn, Achịna, Ụmụchu, Ekwụlọbịa na Nanka na–echikwa ọzọ. Obodo ndị a nile dị n'Anambra Steti. A bia n'Imo Steti obodo ụfọdụ dị n'Ọlụ, Nkwere, Owere na Oguta Divishọn na–echikwa ọzọ.

## Olee mgbe ọzọ malitere?

Ọ dịghị mfe ịsị ma ọ bụ kwuo kpọmkwem oge ọzọ malitere n'ala Igbo. Ma site n'akụkọ abụọ ndị a o were anya na ndị bụ nna nna ndị Igbo tụmadụ n'ebe a na–echi ọzọ amaghị ihe a bụ ọzọ dị ka anyị siri mara ya taa. Ọzọ bụ echichi ndị mmadụ ji egosị ọnọdụ dị elu nke malitere n'aka ụmụ ụmụ. Ka anyị lebazia anya n'akụkọ abụọ ndị a na–agba mbọ ịrụtụ aka otu ọzọ siri bata ndị Igbo n'uche.

Otu akụkọ kọrọ na ọzọ malitere n'aka nwa ohu. N'oge ịgba ohu a na–ejide ihu na ọnụ nwa ohu gbukachịsịa. A

na–eme nke a n'ụzọ mmegbu na ntamahụhụ. Tinyere nke a nwa ohu ọ bụla na–ekpu nwa okpu mmee mmee dị ka ndị ọzọ na–ekpu ugbu a. Akụkọ a kọrọ na nna ukwu nwa ohu kpọrọ ya gaa ileta enyi ya. Ka ha rutere n'ụlọ enyi ya, site n'ekike nwa ohu na egbugbu nke dewere ya n'ọnọdụ okenye, onye ha bịara be ya bunyere ya ọjị ma nyekwa ya isi ọnọdụ. Nwa ohu ji maka nsopụrụ nke o nwere n'ebe nna ya ukwu nọ bunye ya ọjị. Ihe a mere kuziri nna ya ukwu ihe mmụta. Malite n'ụbọchị ahụ a naghị ekwekwa nwa ohu ọ bụla ikpunye okpu ọbara ọbara n'isi. A naghị egbukwa ha egbugbu. Ndị mmadụ bidoro gbuziwa egbugbu ihu na ọnụ na–ekpukwa okpu mmee mmee iji gosị ọnọdụ dị elu.

Akụkọ nke abụọ yiri nke mbụ. Ọ bụkwa igbuchisi ihu na ọnụ nwa ohu n'ụzọ mmegide. E kwuru na nwa ohu bidoro sụwa ọfọ, na–arịọ chi ya ka ọ bọọrọ ya ọbọ. Anyị nụrụ na chi ya nụrụ akwa arịrị ya, nke mere na o bidoro wawa ndị mmadụ n'afa, butewere ha nrịanrịa. E bidoro jụwa ajụjụ n'aka ndị dibịa. Ihe ha gbapụtara n'afa bụ na nwoke ọ bụla tozuru etozu ga–amalite gbuwe egbugbu n'ihu na n'ọnụ iji mee nkwadebe maka ichi ọzọ.

Akụkọ abụọ ndị a gbara gharịị, mana e weere ha ka ebe mbido aka maka mmalite ọzọ.

Ihe a na–eme tupu e chie ọzọ n'oge gboo zuru Igbo nile ọnụ. Tupu mmadụ echiwe ọzọ, ọ bụrụ onye nna ya echibeghị ọzọ, ọ ga–ebu ụzọ chie ya ọzọ. Ọ na–awụcha onwe ya omume nile rụrụ arụ ndị mmadụ jiri mara ya. Ọ na–agakwuru ndị buru ya ụzọ chie ọzọ jụtasịa ha ihe gbara ya gharịị.

## Otu e si e chi ọzọ n'akụkụ dị iche iche

N'akụkụ Udi na Ezeagụ Divishọn onye ga–echi ọzọ ga–eburu ụzọ mee ọha na Okobo. Onye ga–eme ọha, ga–egburu ndị mere ọha otu ehi, ewu atọ na oke ọkpa asaa ma sukwaara ha nri ji na mmanya. Ọ ga–enyekwa ha ego

ruru naịra iri anọ. Mgbe emume nke a gachara ọ ga–amalite ime Okobo. O nwere ike ime emume a mgbe otu afọ ma ọ bụ afọ abụọ gachaara. N'emume Okobo, onye ga–eme ya ga–egbukwara ndị otu a otu ehi, otu ebule, ewu atọ na oke ọkpa asaa, ego ruru naịra iri anọ, nri ji na mmanya. Ihe ndị a ka ọ ga–eme tupu o tinye aka n'ichi ọzọ. Ihe dị ka otu afọ, afọ abụọ ma ọ bụ karịa nwere ike ịgafe tupu ọ malite ichi ọzọ.

Mgbe onye ahụ ga–echi ọzọ ọ ga–akpọ ndị chiri ọzọ n'obodo ha kọọrọ ha na ya na–aga ichi ọzọ. Iji mee nke a ọ ga–asụrụ ha nri ji, nyekwa ha anụ dọkwaara ha ite mmanya. Ndị chiri ọzọ ga–agụpụtara ya ihe dum ọ ga–enye ha: otu ehi, ewu atọ, oke ọkpa asaa, nne ọkụkọ asaa, nri ji, anụ, mmanya, ọjị ma ego ruru naịra iri asatọ. Onye ahụ ga–eje kpọta otu dibịa nke bụ onye Nri bụ onye ọ bụ ọrụ ya ichi mmadụ ọzọ. Ọ ga–enyekwa ya ego, oke ọkpa atọ, nne ọkụkọ abụọ, otu ebule na ji otu ha siri kpebie. Onye ahụ ga–aga na dibịa jụa ya ihe ọ ga–eme ka ya wee dịrị ndụ mechaa emume ọzọ ka okwu na ụka ghara ịdanyere ya mgbe ya na–echi ọzọ. Oge e ji echi ọzọ bụ n'ọkọchị, mgbe e gwupụtachaara ihe a kọrọ n'ubi. Onye ahụ ga–echi ọzọ ga–efe arụsị dị iche iche otu dibịa siri gwa ya ka ha nyere ya aka ka ichi ọzọ ya gaa na–enweghị nsogbu ọ bụla. N'akụkụ a ochichi ọzọ na–ewe izu asaa.

N'isi ụtụtụ mmalite ochichi ọzọ, onye ahụ ga–eme emume a na–akpọ ịda na ngwu. Ọ ga–aga na ngwu arụsị ụmụnna ha gbara ọtọ na–ekwupụta ajọ ihe nile bụ nke o mere malite na ndụ ya. Ndị ga–anọ ebe ahụ bụ dibịa Nri na ndị chiri ọzọ. Mgbe abalị ruru a ga–eduba ya n'otu ụlọ nke ọ ga–anọ izu atọ. Ọ gaghị e si n'ụlọ ahụ pụta ezi. A ga–akpọnye ya otu nwata nwanyị nke ga na–ejere ya ozi na–esikwara ya nri. Ọ ga–agba ọtọ nọrọ n'ụlọ ahụ. Nwunye ya ma ọ bụ inyom ya dum ga–abanyekwa n'ụlọ nsọ nke ha iche iche ebe ha ga–anọ izu atọ otu di ha siri nọrọ. Mgbe izu atọ ahụ gachaara nwoke ahụ na inyom ya ga–apụta n'isi ụtụtụ ụbọchị a ga–echi ya ọzọ. N'ụbọchị a

ga–echiwe ya ọzọ nwoke ahụ ga–anyara oke ọkpa atọ na nne ọkụkọ abụọ n'olu ya. Nwunye ya nke izizi ga–anyara otu oke ọkpa na nne ọkụkọ abụọ n'olu ya. Ndị inyom ya ndị ọzọ ga–anyara otu oke ọkpa na otu nne ọkụkọ n'olu. Ha dum ga–anọrọ n'iru chi ya. Dibịa Nri na ndị chiri ọzọ ga–anọ nso na–egbu ebule, ewu na ọkụkọ ndị ahụ a gwara ya weta n'usoro n'usoro. Mmanya ga–abụ atụrụ tawa; nri ji ga–adọ ebe ọ dị ukwuu. Nwoke ahụ ga–akpụta otu ebule nke a ga–eji gwuru ya inyi. Ebule ahụ bụ nke a ga–egbu, lie ya n'ime ala were gwunye osisi inyi n'elu ya. Inyi ahụ bụ iji gosị ọnụ ọgụgụ ndị nile chiri ọzọ n'ụmụnna ahụ. Ọ ga–akpụtakwa otu ebule nke a ga–eji siri ndị Nri ofe. Mgbe a na–eme ihe ndị a, egwu ufie ga na–ada. Onye opi ọdụ ga na–egbuku onye ahụ na–echi ọzọ. Otu nne nwanyị ga na–etiku ya na mkpụkpọ. Nwoke ahụ ga–akpọ ndị ụmụnna ya, nwoke na nwanyị, ụmụaka, ndị ọgọ ya dum, ndị enyi ya, na ikwu na ibe ya. Mmadụ ga–anọ ebe ahụ ga–abụ aja. Oriri na ọñụñụ ga–adị n'ezi ahụ tutuu izu asaa. N'ụbọchị ochichi ọzọ ahụ ka a ga–agbanye ya akarị ma ọ bụ eriri ọzọ n'ụkwụ. Mgbe chi jiri nwoke ahụ ga–abanyekwa n'ụlọ nsọ. Ndị inyom ya ga–abanyekwa n'ụlọ nsọ nke ha. Ha dum ga–anọ izu anọ n'ụlọ nsọ. Ha agaghị apụta ezi. Nwoke ahụ na otu obere nwata nwanyị nke na–ejere ya ozi ga–anọ n'ụlọ ahụ. Onye ọzọ agaghị ahụ ya anya. Kwa ụtụtụ na kwa mgbede ọ bụla n'ime izu anọ ndị a onye opi ọdụ ga na–akwaku ya ugboro asaa nke ọ ga na–aza were akpọpụta aha ọzọ asaa ya dum. Otu ahụ ka onye mkpụkpọ ga na–esi na–etiku ya ugboro asaa. Onye ahụ ga na–azakwa ya, na–ekwupụta aha ọzọ ya dum. Mgbe izu anọ gwụchara onye chiri ọzọ na ndị inyom ya dum ga–awụcha ahụ nsọ he tee uhie n'ahụ ha, were akwa mara mma kee ekike ka ọzọ na lọọlọ ya. / Start May 2

N'Agụata e nwere ọzọ Eze, Ọkpara na ọzọ Ume. Ọzọ Eze kachasị ịdị elu. N'Agụata, n'obodo dị ka Achịna, Ụmụchụ, Ekwụlọbịa nwere ọzọ atọ a. Ihe mbụ onye na–

akwado ichi ọzọ na–eme bụ ịgba 'Ehihie'. Onye na–agba ehihie na–eweta ọkụkọ anọ na otu ewu. Ọ ga–esi nri buo mmanya. Tupu ndị nze abata na be onye ahụ iri ihe ọ bụla ọ kwadebere ọ na–ebu ụzọ hụ na ya koro ndị nze uko site n'iweta otu oke ọkpa, otu nnekwu, otu ewu na otu abọ ji. Ọ na–echere ndị nze ihe ndị a n'ama. Nanị nke a ga–eme ka ndị nze kweta ịbata n'ụlọ ya wee rie ihe ọ kwadebere ha. Emume ndị ọzọ na–esota bụ ndị a: Emume igbu ehi ndị nze. Ụbọchị a na–egburu ndị nze ehi, nri na mmanya na–adị ukwuu. Onye na–eme emume a na–ezi ikwu na ibe na ndị ọgọ. E zuo ka a kpọrọ, ọ ga–eweta ehi anọ nye ndị nze ka ha gbuo ma kerie n'onwe ha.

## Ịgba mmanya n'ọfọ

N'emume a, ihe oriri na ọñụñụ na–abụkwa atụrụ tawa. Onye na–akwado ichi ọzọ na–enye ndị nze otu ehi nke ha na–egbu keekwa ya na ndụ. Onye ahụ na–ebido kpọwara ha ịkpụkọọ nke metụtara ego. Ọ na–amalite n'isi nze nke ọ na–enye ego ahịa naarị ego ayọrọ nke pụtara iri naịra abụọ n'ego ugbu a. Ndị ọzọ na–eketa ahịa ise ise. Na ngwụsị mmeme a, onye ahụ na–aza sọọsọ aha ọzọ abụọ. Aha ndị a na–abụ Eze Mmadụka, Ọkpara Nwoke, Umẹ Ezinwa, Eke Chukwu, were dịrị gabazịa.

## Emume ịracha nzu

Onye na–echi ọzọ na–eweta otu ehi na ewu abụọ iji mee emume a. Ọ ga–enye ndị nze naari anọ ahịa ego ayọrọ nke nọ n'ọnọdụ iri naira asatọ n'ego ugbu a. Ihe ndị ọzọ ọ na–eweta ga–adị iri na isii iri na isii dị ka ego, mmanya, ji, ọjị, ose, oke ọkpa, na nnekwu. Ọ na–eme ihe ụmụ okorọbịa nke na–abụ iri na isii a mụbara ụzọ anọ. Na ngwụsị nke a, ọ baa n'ihe a na–akpọ akwụ ọzọ. Ụra anaghị aba ya n'anya n'abalị ahụ. Ụmụ okoro na ụmụ agbọghọ na–anọ ọnọdụ abalị na be ya. Nke a na–emekarị



Kpowa = pronounce clearly

n'ụbọchị Nkwọ. Mkpọtụ na–adị ukwuu nke bụ na a naghị anụ urịa nnụnụ ma ọ bụ anụ ọ bụla n'ihi na nke a bụ nsọ nwere ike imebi ihe. N'etiti nderi a na–eduru onye ahụ jee ebe a na–aza aha ọzọ ka e wee mezue echichi ọzọ. Chi foo, ọ malite emume itu nzu. Na nke a ọ na–ebu mmanya, siekwa nri, ka onye ọ bụla riri ka ọ gụrụ ya. Aka na–akụ nkwa ga na–akụ esepụghị aka. Ebe dum na be ya ga na–esi nri nri. O na–eji ịzụ ahịa ọzọ eweta emume dum a n'isi njedebe.

N'Amichi, Ezinifite na Ụtụ dị na Nnewi Divishọn a na–echi ụzọ ọzọ abụọ – ọzọ na–awa n'afa na nke gụrụ mmadụ agụụ. Aha ọzọ ndị a ka onye chiri ọzọ nwere ike họrọ otu zaa: Dunu, Dara, Ezike ma ọ bụ Ume. Ọzọ na–ewe otu afọ. Ụbọchị Orie na–abụkarị ụbọchị e ji ebido ichi ọzọ. Ndị chọrọ ichi ọzọ n'obodo ndị a ga–eme emume ufọdụ ndị a: nke mbụ njụarọ nke bụ emume izizi e ji akpọbata onye chọrọ ichi ọzọ. Nke abụọ bụ ịhụ ọmụ. Nke atọ bụ ịba n'akwụ ọzọ nke na–ewe izu asaa. N'Akwụ ọzọ ka onye ahụ na–anọ na–aza ogene. Ụmụ nwanyị na–eme ọrụ ịgwa aja n'oge onye na–echi ọzọ nọ n'akwụ ọzọ. Mmemme ikpeazụ onye na–echi ọzọ na–eme bụ izụ ahịa ọzọ.

Na Nnewi kpọmkwem, onye na–echi ọzọ na–ebu ụzọ ga gbaa afa nke o ji ajụpụta aha ọzọ ọ ga–aza ma o chichaa. Nke a sitere na nkwenye na ọzọ na–awa n'afa. Ọ naghị abụ mmadụ teta ụra ọ sị na ya ga–aza Dunu, Dara, Eze, Ume ma ọ bụ Dim. Aha ọ bụla n'ime ndị a nwere ụzọ o si dị iche n'usoro mmemme dị n'ime ya. Ọ bụ nanị ọzọ Dunu bụkwa Eze–ana Nnewi bụkwa ọzọ kasị dị elu, na–agbanye ihe n'ụkwụ. Nsọpụrụ na ugwu a na–enye ya karịrị nke ndị eze ma ọ bụ chifu dị ka anyị nwere ha na mpaghara anọ dị na Nnewi. E kwuola na ewu, ọkụkọ, ahịa ego ayọrọ, mmanya, ji, ọjị, nzu anaghị akọ na be onye na–akwadowe ichi ọzọ. Ndị otu ọzọ na ndị nze, ụmụ okorọbịa na ụmụ agbọghọbịa tinyere ndị enyi na ndị ọgọ na–eketa oke ha n'ebe ọ dị ukwuu.

## Ọnọdụ nwanyị di ya na–echi ọzọ

Nke a nọ ka obodo si eme ya. Na Ngwoo nke dị n'Udi Divishọn nwanyị izizi onye na–echi ọzọ na–agba akarị. Ada ya nwanyị na–alụ di ebe ọzọ ga–agba akarị ka nna ya n'ihi na ọ dị ihe ọ ga–abịa be nna ya ime mgbe ụfọdụ. N'akụkụ Udi ndị ọzọ na n'Ezeagụ Divishọn ndị inyom nile onye na–echi ọzọ ga–agba akarị n'ụkwụ abụọ. Na Nnewi ọ bụ nanị isi nwanyị onye na–echi ọzọ nwere ike ichi lọọlọ ukwu ma ọ bụ lọọlọ nta. Nke a bụ iji kwanyere ya ugwu. Nke a dịkwa otu ahụ n'ebe ndị obodo ọzọ dị ichi iche nọkwa.

## Ekike ọzọ

Onye chiri ọzọ na–ama akwa ọmụma. Ọ gaghị awa akwa ọwụwa. Ọ ga–ekpu okpu ndị ọzọ na abụba ugo nyara aka n'olu ya. Ọ ga–atụkwụ atañụ n'ukwu ya wee buru otu ọdụ enyi n'ubu. Ọ ga–agbanye aka n'aka nri ya, gbara akarị n'ụkwụ abụọ ya, nyara akpa akpụkpọ nwa ehi. Ọ na–ejikwa akpụlụ ọzọ.

## Ugwu a na–akwanyere ọzọ

N'akụkụ Udi na n'Ezeagụ Divishọn ebe a na–esiri ọzọ nri bụ na mkpọ. Ebe ahụ kwa ka ọzọ na–anọ eri nri. Mgbe ọ bụla ọzọ nọ na mkpọ eri nri otu onye ga na–akụrụ ya ekwe. Mgbe ọzọ richara nrị, ọ kụọ ogene ya, onye na–akụ ekwe akwụsị. Ọ bụrụ na onye na–akụ ekwe akwụsị nà ntụmade ọzọ ahụ ga–akwụsị iri nri ahụ. Mgbe ọzọ na–añụ mmanya a ga na–akụrụ ya aka. N'akụkụ Nnewi na obodo dị ya gburugburu ọ dịghị otu a. N'Ọnịcha ndị nze na ọzọ adịghị ahụ ozu anya.

## Ahịa ọzọ

Mgbe onye chiri ọzọ siri n'ụlọ nsọ ma ọ bụ n'akwụ ọzọ pụta ya na ndị inyom ya ga–amalite ịzụ ahịa ọzọ. Ha ga–



Onye chiri ọzọ na oriakụ ya.

azụ ahịa anọ ndị Igbo. Ndị ọzọ, ndị enyi na ikwu na ibe ha ga–edu ha gaa ahịa anọ ndị a. Ha ga–eke ekike ọzọ. Ndị na–akụ egwu ọzọ na onye opi ọdụ na onye mkpukpọ ga–eso duga ha ahịa ndị a. A ga–ebu mmanya ebe ọ dị ukwuu wee ga n'ahịa ndị a. N'ime ahịa ha ga na–agba egwu mgba. Ha na ndị enyi na ndị ọgọ na ụmụnna ga na–erughari n'ahịa na–eme nzere maka onye chiri ọzọ. Ndị enyi ha ga na–enye ha ihe onyinye dị ichi iche dị ka ego, ọkụkọ, ewu, akwa na ihe ndị ọzọ dị iche iche. Mgbe nke a gachaara a mara na onye ahụ echizugo ọzọ.

## Otu e si eke ihe ọzọ

Ndị nile chiri ọzọ ga–ekeri anụ, ego, ji na ihe ndị ọzọ onye chiri ọzọ wetara. Ha na–achị oke otu ha siri bụrụ okenye n'ichi ọzọ. N'ebe ụfọdụ dị ka akụkụ Udi a na–achịtara ọzọ nwụrụ anwụ uzọ oke abụọ. Nke a gachaa a mara na ọzọ ya anwụọ.

## Eze ama nso

N'akụkụ Udi na n'Ezeagụ mmadụ nwere ike ichiri nwa ya nwoke ọzọ mgbe ọ dị obere. Aha a na–akpọ nwata e chiri ọzọ dị otu a bụ Eze ama nsọ. Nke a pụtara na nwata ahụ agaghị asọ nsọ ọzọ ọ bụla tutuu ọ lụọ nwunye. Mgbe nwata ahụ toro dimkpa, lụọ nwunye, ọ ga–egburu ndị otu ọzọ otu ewu, siere ha nri nyekwa ha mmanya. Mgbe ahụ ka ọ ga–amalite gbara akarị n'ụkwụ wee malite sọwa nsọ nile dị n'ọzọ. Ihe a ga na–akpọzi nna ya bụ Ọgbangwuụmụ. Nwata ahụ agaghị ahụzi ara nne ya anya na ndụ ya. N'ihi nke a, nne ya ga–eme emume imachi ara. Ọ ga–amalite iyi uwe emebere maka nke a.

## Iwu megidere ichi ọzọ

A dịghị echi ohu, osu na ọbịa ọzọ. Nanị nwa a mụrụ n'ala ka a na–echi ọzọ. Okokporo adịghị echi ọzọ. Onye na–

egbu ọchụ na onye na–ezu ohi agaghị echi ọzọ. Ma ọ bụrụkwa na onye dị otu ahụ echegharịa ñụọ iyi na ya agaghị emekwa ihe ọjọọ ndị a, ndị ụmụnna na ndị ọzọ ga–enye ya ogologo oge, ihe dị ka afọ ise, iji nwalee ya.

## Nsọ ndị ọzọ

Onye chiri ọzọ nwere ọtụtụ ihe ọ na–asọ nsọ. Onye ahụ ga–abụ onye omume ya kwụrụ ọtọ. Ọ gaghị ezu ohi, ọ gaghị eme nsi, ọ gaghị egbu ọchụ. Ọ ga–abụ onye eziokwu. Onye ahụ agaghị eri nri anụ adịghị. Ọ gaghị eri nri n'ihe. Ọ gaghị awa ọgọdọ. Ọ gaghị ebu ibu n'isi. N'ebe ụfọdụ ọzọ adịghị eri anụ atụrụ dị ka n'akụkụ Udi na n'Ezeagụ. Ha adịghị eri adụ. N'ebe ọ bụla onye bụ ọzọ ga na–akwanyere ọnwe ya ugwu.

Nsọ ndị a nwere ọpịpịa dịrị onye megidere ha. Ndị otu ya na–achụpụ ya n'otu ha, nke pụtara na ọ gaghị eketakwa oke ọzọ ya. Ha ga–etibe akarị ma ọ bụ eriri ọzọ ya. A ga–anapụsị ya ugwu ọzọ dum.

## Otu e si eli ndị ọzọ

N'Ọlụ, ọzọ adịghị e ji akpati ogologo ala mmụọ. Onye ọzọ na–anọ na kọbọdụ, tukwuru etukwuru. Ọ bụrụ na onye ọzọ a na–eli nwere ụlọ e jiri simenti rụọ ala ya, a na–esi n'ezi gwuru ala baa n'ụlọ ya. Mana ọ bụrụ ụlọ aja efu, e gwuo ala ụlọ ya, lie ya. A na–eli ọzọ na ndeeri. Onye abụghị ọzọ adịghị anọ ebe a na–eli ọzọ.

N'akụkụ Udi na n'Ezeagụ, mgbe onye chiri ọzọ nwụrụ mmemme dum emere mgbe ọ chiri ọzọ bụ ihe ụmụ ya ga–emechasị tupu e lie ya. A ga–egbu otu ebule nke a ga–elikọdo ya na ya. Na mgbe ochie ọzọ adịghị edina edina n'ili. Ọ na–etukwu n'oche akwa n'ime ili. Ma ugbu a ọtụtụ obodo na–edinawazi ọzọ edina n'ime ili maka ihi igbe ozu nke dị n'oge ugbu a. Uche ịkwa onye ọzọ na–aka mkpa karịa ọnwụ ọ nwụrụ.

## Ọnọdụ ọzọ ugbu a

Ọtụtụ ihe mgbanwe adịla n'otu e si echi ọzọ na nsọ dị n'ime ya. Ihe butere nke a bụ ọbịbịa ndị ọcha na ụka ndị siri na ichi ọzọ bụ ịgọ mmụọ. Echichi ọzọ so n'otu omenala ekweghị anwụ anwụ ọ tụmasịghị na echichi ọhụụ abaala ya nke ukwu. Ugbu a, ma nwata ma okenye n'ebe ụfọdụ echiwela ọzọ. Ndị na–eme ihe ọjọọ esola chiwe ọzọ. Nkwupụta ihe ọjọọ mmadụ mere adịkwaghị mkpa n'ọtụtụ ebe. Isi ajụjụ ugbu a bụ i jikwari ego? Ndị otu ụka dị iche iche na–atụlesị ike inye ndị otu ha ikike ichi ọzọ n'usoro ụka. Ọ bụ nanị ndị ngọ mmụọ ole na ole n'ebe ụfọdụ na–achọ ka esochaa ihe otu e si eso ya na mbụ. N'ọtụtụ ebe igbu ichi anaghị apụtakwa; ihe dị ka na Nnewi ebe o sitere na nkwekọrịta ndị obodo ọ wee dị otu a. N'ebe a, a na–akanye obere akara n'ahụ ebe ọ gaghị apụta ihe ka ọ nọchita anya igbu ichi. Ụfọdụ ndị chiri ọzọ na–eyi trawụza, uwe mwụda, na uwe ndị ọzọ dị iche iche. Ọtụtụ ndị ọzọ na–ejizi osisi nka n'ọnọdụ akpụlụ ọzọ. Okpu ha na–ekpu dịzi n'ụdị dị iche iche. N'ebe ụfọdụ ego na–anọchite emume dum dị ka n'akụkụ Ọnịcha, Ọka na Nnewi. N'ebe ụfọdụ, ọzọ na–eri ihe na–añụ mmanya ebe masịrị ya tụmadị n'ụlọ nri. Nsọpụrụ na ugwu dị n'ọzọ eriela mperi.

## Uru ọzọ bara

Ọzọ baara obodo uru n'ịchịkwa obodo. Ha na–ekpe udo, na–atụpụta aro maka ọrụ ọganihu obodo, na–enye aka iwelite omenala ndị obodo. N'ezi na ụlọ, onye ọzọ na–abụrụ ndị ya ihe ịnya isi. Ndị ya na–eriju afọ, a na–eze imesi ha ike. Ndị mmadụ na–eji aha ha eje mba. Onye ọzọ n'onwe ya na–enwe añụrị na ya etozuola mmadụ nke a maara aha ya n'obodo. Ọ bụ arụ imepụ onye ọzọ ọbara n'ahụ ma ọ bụ ịkpa ya akpa. A na–enye ndị ọzọ ọnọdụ dị elu n'ọgbakọ obodo. Ọ na–anọchita anya obodo n'okwu dị mkpa. A na–ewere ụlọ onye ọzọ ka ụlọ nchekwa ihe

obodo. A na–ele anya na onye chiri ọzọ agaghị atụ asị. Ọ naghị ekwucha kwughasịa. Ya mere e ji atụ ilu a, 'Nze adịghị asụkata n'ihu sụwa n'azụ; ọ dịghịkwa abụpụ bịa rachaa.' Ọ naghị eso n'ọrụ obodo. Nke a bụ n'ụzọ ịkwanyere ya ugwu.

## Ọnọdụ ọzọ n'ọdịnihu

N'ụtụtụ ụbọchị ọnwa anọ dị n'ụbọchị abụọ n'afo 1977 ka Redio Naịjịrịa Enugwu kwuru na mmadụ anọ ndị ụka Siemesị echiela ọzọ na Ngwoo dị n'Udi Divishọn. Onye mere ka a mata nke a bụ Mazị C.C. Onoo. Ọ kọwara na ndị ahụ jiri ego nọchite anya mmemme metụtara ife arụsị n'ichi ọzọ. Ọ sịkwa n'ihi nke a n'ichi ọzọ emegideghịkwa iwu ụka. N'usoro a, ọzọ nke na–ewebu ogologo oge nweziri ike ịbụ n'otu ntabi anya. Ihe si otu a gawa n'ihu ichi ọzọ agaghị ezukwa oke n'usoro omenala. Ọ ga–adịkwa ka ihe ndị ọzọ dị ka mmọnwụ, igbu ichi, ịlụ nwanyị na ịti egwu dị iche iche nke ndị ụka tinyere aka. Ụfọdụ na–eche na ọ dị mkpa ka ndị ụka soro chiwe ọzọ n'ihi na ọ bụ ikwado omenala nke ndị ọcha chọrọ ikpochapụ.

Ọzọ bụ otu nke nwere ihe nzuzo n'ime ya. Ọ bụ ndị bụ ndị otu ha ma ihe ha na–eme nke ọma. Ma ndị ụka ha ga–emecha chie ọzọ ma ha agaghị eso chie ga–esite ma ndị ọzọ ha ga–ewesi ihe ndị metụtara arụsị dị n'ime ichi ọzọ. Ndị ụka nwekwara iwu ha. Ọ bụrụ na iwu ụka kwere ka ndị nọ n'otu ha chie ọzọ nke ahụ bụ okwu ha. Ọ dị mma ka onye nọ na nke ọ nọ mara isi ya.

# 12. ITI MMANWỤ N'ALA IGBO

## Gịnị bụ Mmanwụ?

Mmanwụ bụ otu nzuzo n'ala Igbo. Ịkọwa ihe dị na mmanwụ bụ anya ichi, a naghị eti ya baa. Mmanwụ bụ nwa ewu a gbara ajaba nke onye nwe ya amakwaghị. Ọ bụ nnukwu omenala ndị Igbo. A ga–asị na iti mmanwụ bụ ihe zuru Igbo ọnụ. Ndị Aguata, Ọlụ, Enugwu, Udi, Ọka na Nsụka na–akpo ya mmanwụ. Ndị Ọnịcha na Asaba na–akpọ ya mmọọ. Ndị Owere, Mbaise, Bende, Ngwa na Ọhọfịa na–akpọ ya ekpo.

E nwere otu mmanwụ abụọ, mmanwụ ụmụaka na mmanwụ ndị okenye. N'ime otu mmanwụ abụọ ndị a, e nwere mmanwụ egwu na mmanwụ ụñara, ụlaga, okporiokpo, na ekpo bụ mmanwụ ụmụaka. Mmanwụ ndị okenye nwere ndị na–apụta n'uchichi. Ụfọdụ n'ime ndị a bụ ayaka, achịkwụ ma ọ bụ onyekurie, ọgbagụ na ọkụekwe. Mmanwụ ndị a bụ mmanwụ egwu ka ha bụ. E nwekwara mmanwụ ndị okenye ndị na–apụta n'ehihie. Ụfọdụ n'ime ndị a bụ, mgbadike, ojiọnụ ma ọ bụ ọgbamgbada, okwomma, nke ndị Achịna izaga nke ndị Uli na Ugwuọba, Ọzaebili nke ndị Ụtụ, Ụkpọ na Osụmenyi, icheoku nke ndị Agụata, enyi nke Ụmụoji, atụ nke Awọ Idemmili, odudubarịba nke Arọ, ndịizuọgụ, ijere nke Enugwu ukwu, Abagana na Umudkioka, ekeleke nke Ibi dị n'Oru Divishọn, okorosha nke ndị Owere na mmanwụ ndị ọzọ dị iche iche enweghị aha. A na–etu mmanwụ aha dị iche iche dị ka egwugwu, asaa na asaa, eze nwanyị n'oru, o si n'isi ahụ ụzọ, igwe ka ala, isi udele aba na ngiga, mmụọ na isi. Mmanwụ bụ ihe dị egwu n'ala Igbo ụfọdụ. Ọ bụghị onye ọ bụla na–etinye aka na mmanwụ n'ihi na mmemme dị egwu dị n'ime ya.

Anụnụ isi akaghị aka anaghị eje ụlọ ọnwụ ọtụrụkpokpọkpọ.

Mmanwụ dị n'ụdị n'ụdị. Ụfọdụ nwere ụkwụ anọ dị ka nke Awọ Idemmili na ebule nke Uli. Ụfọdụ nwere ụkwụ asatọ dị ka nke Nnewi. Ụfọdụ na–eto nnukwu ogologo dị ka ijere, ọzaebili na ịzaga.

Ọ bụ sọọsọ ụmụnwoke na–eti mmanwụ. Ọ bụghị nwoke ọ bụla na–eti mmanwụ. Ọ bụ sọọsọ ndị bara mmanwụ maara mmanwụ na–eti mmanwụ. A na–etoru n'ịba mmanwụ etoru. Ọ bụrụ na nwoke ọ bụla etoruola n'ịba mmanwụ, a ga–emere ya omenala dị n'ịba mmanwụ. Okorọbịa ọ bụla bara mmanwụ tachaa ahụhụ dị na ya na–adị ekpe ekpere ka ihe dị otu ahụ ghara ịbịakwa na ndụ ya ọzọ. Ihe a na–akpọ ndị nile maara mmanwụ bụ ụmụnkwụ mmanwụ, n'Ọlụ a na–akpọ ha adukwu. Ihe a na–akpọ ndị amaghị mmanwụ bụ ogbodu. O nweghị ihe ga–eme ka ogbodu ruo nso n'ebe mmanwụ nọ. Ogbodu nwere ike inọ n'ime ụlọ kiri mmanwụ. N'ebe ụfọdụ dị ka n'Udi, ogbodu anaghị apụta ekiri mmanwụ. Ndị Igbo na–ekwu okwu sị, isi mmanwụ dị ogbodu egwu. Ọ naghị abụ mmanwụ na–ekwu ogbodu ana–ekwu.

## Ịlụta ma ọ bụ ịgbalọta mmanwụ

Mgbalọta mmanwụ na–abụ nnukwu ihe a na–eme n'obodo ọ bụla a na–eti mmanwụ. Otu onye nwere ike ịgba mmanwụ. Otu onye nwekwara ike ịgba mmanwụ. Onye ma ọ bụ otu ịgba mmanwụ sitere n'ụdị mmanwụ a chọrọ ịgbalọta. Tupu a gbalọta mmanwụ ọ bụla otu ma ọ bụ onye ga–agbalọta ya bụ mmanwụ ga–enwe nnukwu nkwadobe maka ya.

Ụbọchị a ga–agbalọta mmanwụ na–adị egwu. A na–esi nnukwu oriri a maara aha ya. Mmanya na–abụ a sụrụ, onye ma ọ bụ otu na–agbalọta mmanwụ na–ezi ndị enyi na ndị ọdịmma ka ha bịa ụbọchị a ga–agbalọta ya bụ

mmanwụ. Ọ bụ n'obodo ọzọ ka a na–esi agbalọta mmanwụ. N'ụbọchị a na–agbalọta mmanwụ ezi na ụzọ na–abụ mmanwụ mmanwụ. Ha ga–esi obodo be onye na–agbalọta mmanwụ wee jee n'obodo ebe a ga–agbata mmanwụ. Ha ruo n'obodo ahụ a ga–esikwara ha nri a ga–eji nabata ha n'obodo. E lesịa ha ọbịa n'obodo ahụ a ga–eduru ha na mmanwụ ha a gbara ọhụrụ wee laghachi n'obodo ha ebe ihe oriri na ihe ọñụñụ nọ na–eche ha. Ụbọchị ahụ na–abụrụ ha ụbọchị erimeri na añụmañụ.

Ịgbalọta mmanwụ ndị okenye abụghị egwu a wa nkịrinka ọgọdọ agba. Ọ na–abụ ihe onye a rachaghị ọnụ ya ụgụrụ arachaara ya n'ihi ya a na–agba mbọ hụ na e gbochiri mmiri ebe ọ ga–esi sọpụ. Iti mmanwụ bụ nwata kaa obi ọ metụ eke aka. Tupu a gbalọta mmanwụ a ga–akpọ dibịa onye ga–alụ ọlụ nchedo na mgbochi nile dị na ya n'ihe gbasara ọgwụ na ọkpọ. A ga–eje n'afa wee jụpụta ihe nile dị mkpa a ga–eme ka nsogbu ọ bụla ghara ịdapụta na mmanwụ a na–agbalọta. Ọ bụrụ na o nwere nsogbu ma ọ bụ ọdachi ga–adapụtanụ, a ga–achụ aja wee medosịa ihe ndị a nile tupu e wee gbalọta mmanwụ.

Ụfọdụ mmanwụ na–abụ mmanwụ arụsị oge o ji apụta bụ sọọsọ oge arụsị nwe ya chọrọ ka ọ pụta. Mmanwụ ndị dị otu a na nnukwu mmanwụ ndị ọzọ dị ka ọza ebili, ịzaga, ojiọnụ na–akpa ike nke ukwuu. Ịgbalọta mmanwụ ndị okenye na–ewe oge na ego nke ukwuu.

## Oge e ji eti mmanwụ

Mmanwụ bụ ihe na–eme ka obodo na–ekpo ọkụ. Ọ na–eme ka mmemme ọ bụla dị elu. N'ihi nke a mmanwụ na–apụkarị n'oge a na–eme mmemme n'obodo. A na–eti mmanwụ oge a na–akwa ozu, oge a na–eme arụsị, oge a na–agba ekeresimeesi na n'oge nnukwu mmadụ bịara n'obodo. Oge ụfọdụ arụsị nwere ike chọọ ka e tipụtara ya mmanwụ. Ọ bụghị mmanwụ ọ bụla na–apụta na nke a. Ụdị mmanwụ nke a na–emetụta bụ nne mmanwụ na–



Mmanwụ dị iche iche n'ala Igbo.

akpa ike dị n'obodo. N'obodo ụfọdụ mepere emepe, ụmụaka na–etipụta ekpo kwa ụbọchị ụka. Nke a bụ iji mee kạ obodo na–ekpo ọkụ.

## Imerụ mmanwụ ma ọ bụ itikwo isi mmanwụ

N'oge gboo, mmadụ anaghị anwadị anwa ma ọ bụ tụọ nkwe itikwo isi mmanwụ maka e were nke a dị ka arụ. Nke a mere na a naghị edebe ikpe ya ka chi bọọ, kama ọ na–anọ ebe ahụ zoo ma gbachakwaa ka mmiri ozuzo, ihe onye ahụ tikworo isi mmanwụ hụziri ya were maka ndị Igbo tụrụ ilu sị na ihe onye ọfụ opi fụtara, ya na imi ya.

Ebe nile a kpọgara na–eti mmanwụ nwere ọtụtụ ihe nke jikọtara ha ọnụ nke ọ bụ onye mee ya, a sị na o tikwoola isi mmanwụ, ma a bịazikwaa, e nwezikwaa ebe mba ọ bụla siri dị iche n'ibe ha ebe ọ bụ na ọkwa mba na–achị n'olu mba. Onye ọ bụla sechapụrụ isi mmanwụ, ma ọ bụ mee ka a hụta ma ọ bụ mata otu ime mmanwụ dị etikwoola isi mmanwụ. Nke a bụ nke zuru ebe nile a na–eti mmanwụ ọnụ. Ndị ọzọ bụzị dị ka mba siri dịrị; dị ka n'obodo Ọlụ na obodo nile dịdebere ha nso, mmadụ anaghị anọ mmanwụ nso ma ya fọdụ ịgba ya izu. N'akụkụ Ihiala, Ọkija na obodo ndị ọzọ dịdebere ha, mmadụ na mmanwụ enweghị mmekọ ọ bụla. Ọ pụtahaala, ọ pụtachaala ruokwa mgbe ọ lakpuru ebe o siri pụta. Otu a ka ọ dịkwa n'akụkụ Anambra Steti, ma ebe nke a sikarịrị ike bụ na ndị ẹnu ani. N'akụkụ ọ bụla na–eti mmanwụ, tụmadị mmanwụ ebiri ma ọ bụ uke, onye merụrụ ya, ọ kaara onye ahụ mma na a mụghị ya amụ maka ndị uke ma ọ bụ ebiri ahụ ga–alụ ọgụ ya ruo na onye ikpe azụ anwụọ. Mmanwụ nke ụmụaka ji agba egwu enweghị nsọ. Ha nwere ike ime ihe dị ha mma maka na ndị Igbo eweghị nke ahụ ka oke mmanwụ. Ha na–akpọkwa ha ụmụ aha dị ka ụlaga ma ọ bụ okporiokpo ma ọ bụ ekpo dị ka e siri kọwaa na mbụ. Ihe ọzọ a na–ewe

dị ka itikwo isi mmanwụ onye bụ ogbodu, ya bụ onye ababeghị mmanwụ na–eme ma ọ bụ na–ejije mmanwụ, ndị bara mmanwụ hụ ya, a ga–asị na o tikwoola isi mmanwụ. Onye ababeghị mmanwụ pụta ebe mmanwụ gbakọrọ, a na–asi na o merụọla mmanwụ. Ihe dị n'imerụ mmanwụ dị ka ije guba ukwụ ariri ọnụ dịrịkwa dị ka otu obodo siri debe nke ha. Ndị Igbo tụrụ ilu sị, a gafee nwa iyi a tụnyere ya akpara ma ọ bụ ogu, ihe dị na mmanwụ dị ka nwa iyi, o kwesịrị ka a tụnyere ya akpara.

## Gịnị ka a na–eme onye tikworo isi mmanwụ?

N'oge gboo, onye tikwoo mmanwụ isi, ndị bara mmanwụ, ya bụ ụmụnkwụ mmanwụ, na–agbara ọsọ ozigbo na–ekwughị ekwu na–akaghị aka, jee be onye ahụ, kwakọchaa ihe nile dị be ya ma suo ụlọ onye ahụ ọkụ. Ọ dịghịkwanụ ebe onye ahụ ga–eje kpee ikpe. Ma ugbu a, ihe a na–emezi bụ onye tikwoo isi mmanwụ, okenye mmanwụ ndị ike dị ga–apụta, mmanwụ ndị bụ ikorọbịa echie ebe nile jidechaa ọmụ n'aka ha, ụfọdụ ejide obejiri ma ọ bụ mma ọpịa ha. Ha ga–ekwojiri gaa be onye ahụ tikworo isi mmanwụ, e nye ha ihe ọ bụla bụ ihe obodo kpebiri a ga na–enye ha. Ma ọ bụrụ na onye ahụ gbaa isi akwara, ha ewere aka ha jee bukọrọ anụ ụlọ ole dị ha mma laa. Ụfọdụ ebe, ọ na–abụ ewu, ọkụkọ, ehi ma ọ bụ ego.

## O nwere ihe ọjọọ dị n'iti mmanwụ?

N'ezie, nke a dị ka ọbụbọọ nsi juru ahụ ma ya na–agọ agọ nsi. Iti mmanwụ na–akpatara ọtụtụ ndị dimkpa ọnwụ mberede ma ọ bụ ọnwụ ike site n'ọgwụ siri oke ike a na–agwọ na ya. Ndị ụfọdụ na–eji ya emesi onye ha na ha adịghị na mma ike maka a gaghị ekpe ikpe ya ekpe. Onye chọọ ka o kpee ya, o merụọ mmanwụ. Ọ na–eduhie ọtụtụ

mmadụ maka ha na–asị na ọ bụ arụsị nwe ụmụ mmanwụ nke mere na ọ bụ arụsị ahụ na–enye ha ike pụrụ iche ha ji eme ihe ịtụ n'anya ụfọdụ ha na–eme. Ha na–akọ ma onwe ha ma mmadụ ọgwụ oge ha chọrọ ime ka mmadụ sọba ha asọba ma ọ bụ sọpụrụ ha. Ọ bụ ezie na ihe ọjọọ adịghị hie nne na ya ma ndị dị ya adị enweghị oyiri maka ọ metụtara igbu mmadụ na iduhie mkpụrụ obi mmadụ. Ọ na–ebute esemokwu n'etiti mmadụ na mmadụ, ụmụnna na ụmụnna, ogbe na ogbe, obodo na obodo.

## Kedụkwanụ ihe ọma dị n'iti mmanwụ?

E ji iti mmanwụ egosị dimkpa. Ọ bụ ihe e ji emesaghari ahụ ma na mgbe ochie ihe igwuriegwu adịbeghị ka ọ dị taa. Ọ bụ mmanwụ bụ ọ bịa o bee dị n'ikpe nile na mgbe ochie maka ikpe o bere onye ọzọ anaghị atụnye ya ọnụ ọzọ. A na–eji mmanwụ agba nha n'obodo. Ha na–eme ka obodo kpoo ọkụ. Ha na–eme ka udo dị n'obodo maka ha bụ ndị polisi obodo ọ bụla na–eti mmanwụ nwere. Ọzọ ha na–eme ka ihe ọjọọ dị ka izu ori ma ọ bụ ịgwọ nsi belata n'obodo site n'ịkpọ onye na–eme ihe dị otu a aha n'abalị na–agwa ya ka ọha nụrụ na ndị mmụọ ahụla ihe ahụ ọ na–eme, ya bụ ka ọ kwụsị ya. Ọ dịkwa ebube dịkwa mma nkiri. Na mmanwụ ụfọdụ ka echiche ụfọdụ n'ihe gbasara ịchọ mma nke mba pụtara ihe.

## Gịnị bụ echiche anyị ugbu a maka iti mmanwụ?

Dị ka otu e siri hụtago, ọ bụ eziokwu na ebe ihe ọjọọ dị, ihe ọma na–adịkwa ya. N'ezigbo uche ọ dị mma ka a na–eti mmanwụ na–etisi ya ike, kama a ga–ewepụtụ ihe nile gbasara ọgwụ na ya, wepụ echiche na ọ bụ arụsị nwe ha meekwa ya ka ọ bụrụ otu nzuzo ọ bụ. Mmanwụ a gaghị na–apụta nanị ma obodo mebe emume nke ha kama ọ ga–apụta kwa ụbọchị ọ bụla ndị ụka na–eme nke

ha ka obodo wee na–ekpo ọkụ. Site n'ihe ngosị nke omenala nke ndị mba Afrịka nile mere na Naịjirịa, na mbido afọ 1977 a chọpụtara na iti mmanwụ zuru Afrịka ọnụ. Ọ na–abụ a kpaa akpaa enyi na enyi arahụ n'ute. Ọ gaghịkwanụ adị mma ma a sị ka a hapụ ya kpam kpam.

# 13. ỌNWỤ

## Gịnị bụ ọnwụ?

Ọ dị otu ihe na–eyi nwoke, nwanyị, okenye, nwata, ọ bụladị okorọbịa na agbọghọbịa egwu. Ọ na–ebu ha isi ma meekwa ka ọbara ha jụọ oyi oge ọ bụla ha chetara ya ma ọ bụ oge o jidere onye ha hụrụ n'anya.

Akwụkwọ nsọ mere ka anyị mata sị na oge Onye Okike kechara ụwa na mbụ o tinyeghị ya ihe a. Ọ kọkwaara na–aga sị na ọ bụ oge nwoke na nwanyị mbụ biri n'ụwa mehiere, ka Chineke jiri gwa ha sị 'Aja ka unu bụ, n'aja ka unu ga–alahachi'. Site ka mgbe ahụ ruo taa, ka odogwu ahụ bụ gaga anụ ogwu, ọ kaa o mee na dike ka dike nile jiri bịa n'ụwa. Ihe ọ bụla o bitụrụ aka e jirila anya ya hụ usọtụ onwe ya ma ọ ka nwee ike ịhụ ụzọ.

Gịnị ka a na–akọ ihe banyere ya? Ọ bụ ọnwụ. Ihe ọ bụla dị ndụ na–agba ka ya gbanahụ ya. Ma lee oge ọ gbagidere ọsọ ahụ ruo ebe nwa uche ya gwara ya na ọ gbateela aka o bido tụwara nwa chi ya ndụ ya mmanụ wee chefuo ihe nile gbasara ọnwụ. Ma, ọ bịara ije nwe ụla; onye ọsọ gbachaa o ruo ụlọ, onye ije adịghị atọ n'ama. Ihe ọ bụla tewara egwu ga–emechaa kwụsị. Nri nkịta jụọ oyi ọ ka dị na–eche ya. Ya mere mgbe adịghị anya, otu ụbọchị, otu mgbe, mgbe na–atụghị anya ị hụ ka nwoke ahụ afụfụ ọnụ ya na–akpụ n'ala; imi na anya ya dịcha ọkịkọrọ ọkịkọrọ, ụkwụ na aka ya dịcha amịlọrọ amịlọrọ dị ka ihe agaghị efo chi bịara fọrọ onye ahụ ndụ ya dị ka ọ ga–asị na ya naara ya ihe ya nyere ya dobere ya. O mee nke a ndị Igbo etuwa ya, 'O me mgbe ọ sọrọ ya' ma ọ bụ 'O gbu onye mgbe ndụ na–atọ ya'.

Oge nwoke ma ọ bụ nwanyị mekatara ihe o cheta na ọ bụ nanị ihe pụrụ ịgbochi ya imeru ihe ahụ n'isi; ya na

onye ume nwa na–eme o tuwa ya 'Ọnwụ kwe m' ma ọ bụ 'Ọnwụbiko'. O gbuo ọchị agha kpakatarala ike were okpokoro isi mmadụ ibe ya ñụọ mmiri na mmanya, werekwa eze dimkpa ibe ya kuru anwụrụ fụọ n'imi wee si otu a mee ka ndị ahụbeghị ihe tuwe ya 'Ọnyịrịọnwụ', ọ na–eme ka ndị dị ndụ kwuhie ọnụ. Oge dị otu a, ndị Igbo na–etu ya Omere dike, Ọnwụ–asọanya, Ọnwụatụegwu ma ọ bụkwa Ọnwụdịegwu. Aha a na–etu ya n'ala Igbo adịka ọtụtụ maị ka a hapụ ya ebe ahụ jụọ ajụjụ a – olee oge a na–asị na mmadụ anwụọla?

Ọmarịcha nwata ahụ e ku n'aka ugbu a, dimkpa nwoke ahụ na–abụ ọ na–aga ije ọ dị ka ọ na–asị na ọ dịghị ihe na–ata arụ; ụwa nile wee na–ehulatara ya isi; nwa agbọghọ ahụ a na–ahụ ukwu ya a na–akụ pem pem dị ka akwụkwọ ofe ndị agịrịkọlchọ na–acha ma maa mma ka okoko osisi, nwere ụbọchị ọ ga–arahụ ụra ọ gaghị eteta ọzọ. Ụbọchị ahụ, ọ ga–akwụsị iku ume. Mgbe ahụ a hụrụ na ụra ekweela izu, cheta na dị ka akịdị gwara anyị – ọ bụrụla ọnwụ. Mmiri amaala ehi n'anya. Ya bụ n'oge a na–asị na mmadụ anwụọla bụ oge ahụ ọ kwụsịrị iku ume nọọ ihe dị ka otu abalị. Mmeghari ahụ adịghịkwa ọzọ.

Ọnwụ na–eri ihe – ọmarịcha nwoke ahụ ma ọ bụ nwanyị ahụ buchara ibu na–aga nyịkwụm nyịkwụm; mmanụ ndụ esi ya n'ahụ na–atụpụ oge ọ bụla, e lere ya anya; ndị ọzọ ahụ na–eso ha n'azụ dịcha ka ndị a na–eri eri na–ehicha ha aka n'isi, ọ bụ ọnwụ ga–ericha ha kpam kpam. Nwata ahụ a ka dị ime ya, nke ahụ na–egbe igbe ruo na ndị ahụ bụrụla dimkpa na agbọghọ; ọ bụladị ndị ahụ kacharala nka lịgara alịgara; ọ dịghị nri bụ ya nri ọjọọ n'ime ha.

N'ihe odide a, a ga–eleba anya n'otu mpaghara Igbo dị iche iche si eli mmadụ ha ma ha nwụọ. A ga–eleba anya n'ihe banyere olili nwata, ofeke, agbọghọ na nwanyị katarala ahụ, nwoke katarala ahụ na onye nke chizurula echichi dị n'ala ya. Ugbu a ọ dịghị ihe jizi nkịta ọnwụ ya bụ na ugo ahụ a na–asụrụ egbe eberela na mgbagbu.

## Olili nwata n'ala Igbo

Oge a na–ekwu okwu olili nwata n'ebe a ọ dị mkpa ka a kọwaa na onye e bu n'obi bụ nwata bụ mmadụ ọ bụla site n'ụbọchị a mụrụ ya ruo oge o ruru ogo ịwa akwa ma ọ bụ ịbanye n'otu egwu ọ bụla dị n'ogbe ha. A bịa n'echiche taa, ọ bụ onye ọ bụla site n'ụbọchị a mụrụ ya ruo na ọ banyere ụlọ akwụkwọ ọta akara ọ bụladị ruo na ọ gachara sekọndịrị skulu.

N'ala Igbo ọ bụ eziokwu na ọ dịghị onye e nyere ndụ na ọnwụ sị ya họrọ nke masịrị ya o jiri aka ya họrọ ọnwụ; ma ndị Igbo na–ele onye ọ bụla nwụrụ na nwata anya ọjọọ dị ka a ga–asị na ọ bụ onye ahụ jiri aka ya họrọ ọnwụ. Ihe butere nke a bụ na a na–atụ anya na ọ bụ ọrụ dịrị mmadụ ili nne na nna ya. Ọnwụ dị otu a na–ebutere nne na nna ọnụma tụmadụ ma ọ bụrụ na ha azụlitela nwata ahụ ru ebe a tụwara anya na ọ gaala ịghọrọ ha ihe inye aka. Ma ọnwụ adịghị eme ihe masịrị mmadụ. Ọ dịghi onye na–atụrụ ya ụka. Ọ dịghị akpa oke.

Ọ bụrụ na di na nwunye a mụọ nwa ọ nwụọ tupu o ru ogo ịga ije, ịwa akwa ma ọ bụ ịga akwụkwọ; n'echiche taa, olili ya na–adị iche na mpaghara Igbo dịgasị iche iche. Na mgbe ochie n'ebe dị ka Ụmụahịa, Ngwa, Ọkịgwe na ebe ndị ọzọ, a dịghị azụrụ ya akpati ozu, kama a na–eji ute, aka igu a kpara akpa ma ọ bụ akwa nwata ahụ fụkọta ya gaa n'azụ ụlọ, ọhịa ma ọ bụ ebe e mebere maka olili ozu lie ya. Ọ dịghị mmanya ọ bụla a na–añụ ebe ahụ. A dịghị eche ozu nwata nche abalị. Ọtụtụ oge ọ bụ ụmụnna ma ọ bụ ndị agbata obi onye ahụ na–eliri ha ya. Otu ihe zuru Igbo ọnụ bụ na ha adịghị eli ozu nwata n'ihu ezi. Ọ dị otu a n'ihi na ha kwetara na omenala ha na ọ bụ nanị onye bichiri ezi ka a na–eli na mbara ezi ka ọ nọdụ ebe ahụ na–elekota ụmụ ya. Ndị Imerienwe nke dị n'Owere na ndị Abakaleke na–eburu nwata ahụ tinye n'ime ite ma ọ bụrụ na ọ gawabeghị ije, ga tufuo ya n'ajọ ọhịa. A dịghị egwuru ya ala.

Ọ bụrụ n'ebe dị ka Ọlụ e licha nwata ahụ ụmụnna ga–

anọrọ ya ihe a na–akpọ mwụsa ala, ha ga–anọ ya nanị otu abalị. Oge ha na–anọ ya, ha ga–elute otu onye otu ite mmanya otu ite mmanya ha ga–añụ ebe ahụ. E mechaa nke a, ụmụada ga–eweta mpekele ite abụọ tinye ntụ n'otu tinyekwa mmiri na nke ọzọ bupu ya n'ama. Nne na nna nwata ahụ na–aga were ntụ na mmiri ahụ kwọọ aka ha. Nke a ka a na–akpọ ịkwọpụrụ nwata aka n'ama. A dịghị emere dimkpa nke a. Ka ịkwọpụ aka n'ama si jọka, njọ mere na ọ na–abụ ajọ iyi ma mmadụ sị ibe ya, ka m kwọpụkwara gị aka n'ama.

N'ebe dị ka Ụmụahịa, Ọlụ na ebe ndị ọzọ ihe dị iche na–adị ma a chọpụta na nwata ahụ bụ ọgbanje. Ndị mpaghara Ụmụahịa ụfọdụ na–etinyere nwata ahụ mkpụrụ ụgba n'ime ihe e ji eli ya. Ha kwetara na nke a ga–eme ka nwata ahụ si ebe ha gbafuo ka ụgba. N'ebe ọzọ ha na–eji mma gburie nwata ahụ ma suokwa ozu ya ọkụ. Ndị Ngwa adịghị eme nke a. Ndị Ọlụ na–asunye ozu nwata ahụ n'ime ite were aja na avụvụ sụchie ọnụ ya gaa tufuo ya n'oke ọhịa. Ndị Udi adịghị eme nke a. Na Mbaise, ọ bụrụ na nwata ahụ etoruola ogo ịba ọgbọ egwu wee nwere nke o banyere, ndị otu egwu ya ga–abịa gwuere ya egwu n'ihu ezi nna ya. Ha sị na ihe e ji eme nke a bụ na ha kwenyere sị na ọ bụrụ na e meghị nke a, na nwata ahụ nwere ike ghọrọ oke bịa tawasịa ihe egwu ahụ. Otu ihe bụ na a dịghị ete egwu a ete oge a na–eti ya.

Ụfọdụ mpaghara Ọgwụ adịghị eli nwata ahụ ma ha ebughị ụzọ kanye ya mma n'ehe iji gosị iwe ha na nwata ahụ agbaraghị isi ya n'ụwa ọ lọrọ. N'ebe dị ka Ụtụ dị na Nnewi ya na ebe ndị gbara ya gburugburu ihe a na–eme bụ iburu nwata ahụ ga lie. A dịghị akanye ya mma n'ahụ ma ọ bụkwa tinye ya n'ite. Otu omenala zuru Igbo ọnụ bụ na ọ dịghị mpaghara ọ bụla na–agbara nwata mkpe ma ọ bụ kwaa ozu ka e si e mere dimpka katarala ahụ. A dịghị echewa echiche ikuru ha ikoro ma ọ bụ ese. Nani nne na nna ma ọ bụ ụmụnne nwata ahụ nwụrụ anwụ

nwere ike kpụchapụrụ ya isi. Ọ dịghị iwu mabidoro mmadụ ime ya.

Ndị Igbo sị na isi nile ha otu ma o nwere isi ka ụbụrụ agba. Ọnwụ nile bụ ọnwụ ma o nwere ndị na–aka ebuta obi mgbawa. Nke a ka a na–akpọ ozu anya mmiri ma ọ bụ ọnwụ ike dị ka ụfọdụ si akpọ ya. Ịji maa atụ, oge a na–asị na ozu bụ ozu anya mmiri, ọ bụrụ na mmadụ amụta nwa zụọ ya n'obere ụlọ akwụkwọ, zụchaa ya na sekọndịrị skulu o wee ru ka o lechara ule ọ nwụọ. Ọ bụbedi na nwata ahụ arụọla ọrụ obodo ihe dị ka otu afọ, ọ kabụrịrị ozu anya mmiri.

Ọ bụ eziokwu na nwata dị otu a etopụtala n'anya, ma iwe adịghị ekwe ndị nwe ya wepụta ego ọ bụla nke ịga zụtawa mmanya nyewa ndị bịara olili, ka ha ñụọ ma ọ bụkwa zụtawara ha ihe oriri ndị ọzọ. Ozu dị otu a na–eme ka mmadụ kwuhie ọnụ. A maghị ihe na–ewutakarịcha ndị nwe onye nwụrụ otu a. A maghị ma ọ bụ ego ha mefurula n'isi ya ma ọ bụ olile anya ha bidorola nwewa n'isi ya tupu ọnwụ atụpụ yą ka a tubiri ome ji. Nne na nna onye dị otu a na–ahụ onwe ha dị ka ndị kwọrọ aka tiere ọkụkọ akụ. Ọ na–adị ha ka ha gara n'ala mmụọ gụta ọkụ ọ pụta n'ala mmadụ wee nyụọ. Onye ọ bụla dị ndụ na–ekpere chi ya ka ọdachi dị otu a ghara ịkpọ ya ihu.

Ọ bụrụ na ihe dị otu a emee n'Ụmụahịa a dịghị ele ndị nwe onye ahụ anya n'aka ka ha wetawa mmanya na ihe ndị ọzọ. Ma ọ bụrụ na aka dị ha arọ ha wepụta, ndị ọnụ kwere na–eri n'ihi na ọnụ dị ndụ ga–agbarịrị azị. Ma dị ka okwu sị ada; a na–ekwu sị na ihe mba na–asọ nsọ ka ndị ọzọ na–eri. Ekwensu nwaa anwaa manye aka dị otu a n'ofe n'ebe dị ka Ngwa, Ọlụ na Owere a dịghị agbanye nke a, nke bụ na ha kwere na a dịghị asị onye na–ebi ugwu laa na nwa anwụọla. Ha na–agụrụ egwu ñụọkwa mmanya.

## Olili ofeke

Onye ndị Igbo na–akpọ ofeke nwoke bụ nwoke ọ bụla

na–enweghị ike inyeju onwe ya afọ bịa gawa na nke irọ nrọ ịlụ nwanyị ọ ga–enye nri. Oge ụfọdụ onye dị otu a adịghị adị ike ọrụ. Ụfọdụ ha na–adị ike ọrụ ma ihe na–adị njọ bụ na ha adịghị enwe echiche ma ọ bụ akọ na uche idokọta ego ahụ were ya mepụta ihe anya na–ahụ. Ndị dị otu a adịghị amara ụma sọkọnye ọnụ ebe ọha na eze na–ekwu okwu ọ bụla ndị ọgbọ ha. Ọ bụladị na ọ kaachie ntị kwuo ọ dịghị onye na–aña ya ntị. Ọ dịghị onye nwere ike ịkọwa ihe na–ebutere mmadụ dị ndụ omume dị otu a. Onye ihe dị otu a dakwasịrị na–abụ ihe ihere nye ụmụnna ya. Ọ dịghị onye ga–ekwuli ụzọ mmiri a si banyere onye dị otu a n'opi ụgbọgọrọ. Ọ bụ ka a ghara ịkpọ onye ha ofeke ka ụmụnna tụmadụ nwanne ma ọ bụ nwanna ji agbasi ụkwụ n'ala ike gaa lụtara onye ha chọrọ ịda ofeke nwanyị n'ihi na a sị na ihere adịghị eme onye ara kama ọ na–eme ụmụnne ya. Ụbịam a dara ada adịghị eme ihere. Nke a pụtara sị na ọ bụrụ na ọ kọrọ ofeke ahụ, kọkwa ụmụnna ya, ọ dịghị ihe ha ga–emeli. Ha ga–ewere ụwa otu ha si hụ ya. Ndị Ụmụahịa na Owere na–akpọ ya onye ihoriho, ndị Agụata, Olụ na Oldu Ọnịcha Prọvinsi na–akpọ ya ofeke. Ndị Ngwa na–akpọ ya onye iberibe. Ọ bụrụ na onye a anọrọ n'ime nzuzu a chi ya chọta ya, olili ya na–adị iche n'ala Igbo.

Nanị ma ofeke ahụ o nwere ihe o ketere n'ụlọ nna ya e nwere ike ire nweta ego e ji eli ya, ozu ya na–adịwa ka ebe a kpafuru esu. Nwanna jisiri ike lie ya bụ onye ga–eri ụwa ya na mpaghara Ụmụahịa na ebe ọzọ ga. N'ebe ndị ọzọ kwa a na–atụkọ aka lie ya wee kerie ihe ya ka e siri bụrụ ụmụnne ya.

Ndị Abakaleke dị n'Anambara Steti na–eburu onye ahụ gaa tọgbọ ya n'ịkpa. Ha adịghị eli ya eli kama ha ejiri ọgụ bara otu ọnụ aja tụkwasị ya n'obi lawara chi ha. Ndị Mbaise adịghị aba n'ụlọ ozu ofeke mmadụ dọ ma ha ejighị ọkụkọ n'aka. E were ọkụkọ ahụ banye ebe ahụ e gbuo ya. E mecha nke a, onye ọzọ ọ masịrị nweziri ike ịbanye ga hụ ozu ya anya. Ọ bụrụ na e meghị nke a, a

dịghị ebupụta ozu onye a maka olili. Na Mbaise ha kọrọ akụkọ otu nwoke nọgidere na nzuzu wee nwụọ. A sị na ụmụnna ya gara bupụta ozu nwoke a, makpuwe ya n'ala pịa ya ọnụ apịpịa iri anọ na asatọ ka ntị nụ ya ihe ya na iji dọọ ndị dị ndụ aka na ntị na ozu ha bụ ihe a ga–eji mee ihe akaje ma ha nwụọ ọnwụ dị otu a. Otu onye Amandụgba dị n'Ọlụ gbara ama na ha na–ekwukwa okwu gosiri na a na–apịa ozu onye ofeke ihe ma kwuo na ya ahụbeghị n'anya ya ebe o mere. Ndị Udi na–egburu onye ahụ ọkụkọ igwa aka buru ya ga lie n'agụ. Ọ dịghị ụdị mmenye ọ bụla ọzọ ha na–emenyere onye dị otu a. Na Ngwa ndị ụmụnna na–ejisike lie onye ahụ ma ọ bụghị dị ka e si eli onye nwere ezi na ụlọ ka ha si eli ya. Ndị Imerienwe dị n'Owere na–egburu onye a nkịta ha na–akpọ nkịta anyà. Ọ bụ nke a ka ndị Mbaise na–akpọ nkịta okpuru ụlọ. N'ime mba abụọ a na–egburu onye ahụ nkịta ọ dịghị nke n'ime ha na–atụnye ozu ahụ ọbara nkịta ahụ n'anya. Ndị a a kpọrọ aha na mpaghara Owere na–ewere nkịta ahụ gaa n'ahịa. A dịghị ha egbu ya egbu; kama ha ji ihe akụgbu ya wee buru ozu ya ga n'ụlọ ebe mmadụ ahụ nwụrụ; sie ya rie. Ndị Ọlụ, Nnewi, Ọgwụ na Udi adịghị eme ihe ndị a nile. N'Ọlụ nne na nna ofeke ahụ ga–akwọpụkwara ya aka n'ama dị ka a na–emere ozu nwata.

Ihe ndị a bụ ihe a na–eme na mpaghara Igbo dị iche iche mgbe gboo. Ma taa, ọlọrọ ọhụrụ adịla. Mgbanwe dị iche iche adịla n'ihi mmepe anya ya na ịga ụka na inwe ego. Nke a mere na taa e jizi akpati eli ụmụaka n'ọtụtụ ebe n'ala Igbo. Mmepe anya na amamihe emeela ka ụfọdụ ndị kwụsị itinye nwata n'ite ga tụfuo. Ozu ofeke adịghị abụzi ihe a na–eme akaje ma ọ bụraala na o nwere ụka ọ na–aga oge ọ dị ndụ. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ onye ahụ na–agarala ụka oge ọ dị ndụ na–anwakwa oke ya ebe ọrụ ụka dị, ndị ụka ahụ na–agba mbọ mee ka ndị otu ha bịa kwanyere onye ahụ ugwu ikpeazụ ga–eme ka ebe ahụ ọ nwụrụ kpotu ọkụ.

N'echiche m, ọ dịghị uru ọ bara imeju ozu onye ọ bụla oyi n'ihi na ọ dịghị onye ịdị ka ibe ya adịghị agụ agụụ. Ma ọ bụrụ na mmadụ anyụọ ma o sighi isi ọ gaghị ara ogiri. Ebe onye dara ka chi ya kwaturu ya. Ụwa ezughị oke. Mmadụ nile agaghị aka nka. Mmadụ nile agaghị adacha ọgaranya.

## Ọnwụ agbọghọbịa

Ọnwụ anaghị akpa oke nke ọ na–ama nwata, agbọghọ ma ọ bụ agadi. Ọ na–abụ oke ihe mwute, ibu isi na ọnụma ma nwagbọghọ tojuru ịla di ma ọ bụ nke lara di gbabiri nwụọ. Nke a na–abụ nnukwu ihe mmadụ ịlanahụ ya n'iyi.

Ọ bụrụ na agbọghọbịa na–alụbeghị di anwụọ, ọ bụ ọrụ diịrị ndị nwe ya ịhụ na e liri ya. O nweghị ugwu pụrụ iche a na–enye ya. Nna ya ma ọ bụ okenye kacha metụta ya nso, ma ọ bụrụ na nna ya adịghịkwa, ga–edunye ozi ka a kpọọ ndị nwoke dị n'ezi na ndị ụmụnna gwa ha chi ọjọọ rutere ya. Dị ka omenala dị ebe ụfọdụ ọ ga–enye ha ọjị anọ, otu ebele mmanya na oke ọkụkọ. Ha ga–ezipụkwa ndị okorọbịa mmadụ ole na ole ka ha gaa zie ndị ụmụnne ya nile dị na mba ọzọ, ndị ọgọ na ikwu na ibe metụtara nne na nna agbọghọbịa ahụ nwụrụnụ ebe ọ bụla ha bi.

N'ọtụtụ ebe dị ka Ngwa, Mbaise, Owere, Mbanọ, Isiagụ na Nnewi nne ya na ụmụnne ya nwanyị ga–atọpụ isi ha kere eke mee ya adị ajaghara. Ha nile na ụmụnne ya ndị nwoke na nne ya enweghị nke ga–asa ihu ma ya fọdụ ịsa ahụ na ịbọ isi site n'oge ọ nwụrụ ruo mgbe a tukpuru ozu ya n'ala.

Ọ bụrụ ebe a na–eme ebiri ma ọ bụ ọgbọ, ndị ọgbọ ya nile ga–ehigide ozu ya na–agụ uri na–etukwa ya aha ruo chi ọbụbọ. N'ebe ụfọdụkwa ndị inyom di nne ya ga–anọgide nwanyị ahụ nwa ya nwụrụ. A ga–enye ndị a ọjị, mmanya na ọkụkọ ha ga–eji gbaa onwe ha ụra.

Mgbe chi bọrọ ndị nwe ya ga–agba mbọ weta ihe nile e

ji eli ozu dị ka akwa, ute ekwere ma ọ bụ ọfọ a ga–eji kechie ya gaa lie. N'oge ugbu a a naghị ejikwa ọfọ ma ọ bụ ute ekwere eli mmadụ n'ọtụtụ ebe. Ihe a na–eji eli ozu bụzi igbe ma ọ bụ akpati ozu.

Ọ bụrụ agbọghọ lụrụ di ihe nile bayere ọnwụ ya na olili ya na–abụ ọrụ ndị di ya. Nwoke ahụ nwunye ya nwụrụ na ụmụnna ya mmadụ ole na ole ga–eji ọjị anọ, otu udu mmanya na ego jee ụlọ ndị ọgọ ya ịgwa ha na chi akpọla kam. Ego a na–eji aga ya na–abụ ka omenala mba siri dị n'ihi na ọkwa mba na–atụ n'olu n'olu. Na Ngwa ọ bụ nanị kọbọ iri na anọ ka ọ pụtara n'ego ugbu a. Ihe a na–akpọ ụdị ije a bụ ịga nchọ. Mgbe ha kọchara otu ha siri zute chi ọjọọ dị ka otu ha maara na otu ha nwara ike ha iji gbochie ọdachi, ndị ọgọ ga–agwa ha ka ha laa na ha na–abịa. Mgbe ha lara, ndị ọgọ ga–aga n'aja ịchọpụta otu mmiri siri baa opi ụgbọgọrọ ime. Ihe na–bụkarịsị mkpa ha bụ ịchọpụta ma ọ nwụkwara ọnwụ chi ya ma ọ bụ na ọ bụ aka onye iro gburu ya. Ọ bụrụ na nchọpụta ha dị mma ha ga–edunye ndị okorọbịa mmadụ ole na ole ka ha jee ụlọ ndị ọgọ hụ ozu ya anya dọtịakwa ya. Ma ọ bụrụ na ha ahụ aka onye iro n'ụlọ dibịa ọ na–abụrụ ha ihe obi ọjọọ karịa. Ọ nwere ike butere ha na ndị ọgọ ha esemokwu hiri nne. Ha na–atakwa ha ahụhụ. Ọtụtụ oge ha nwere ike ịjụ ịga hụ ozu ya ruo ihe dị ka abalị abụọ ma ọ bụkwanụ abalị anọ nke ga–eme ka ozu ahụ bido siwe isi. Nke a bụ n'ihi na ha ma na o nweghị egbugbu mmanya ga–eme ka ha mekata lie ozu nwa ha mgbe ha ahụbeghị ya anya marakwa ụzọ e si eli ya. Nsogbu nke a na–apụtakarị ma ọ bụrụ na ọ rịaghị arịa nwụọ.

N'ala di ya ha ndị ọgbọ ya, ndom (ndị inyom) di ya ga–echegide ozu ya site n'oge mgbe e richara nri abalị ruo n'ụsara chi. A na–akpọ nke a nche abalị (ụra ozu ma ọ bụ ịkwa abalị). Ọ bụrụ na o nweghị nghọtahie dị n'etiti di ya na ndị ọgọ ya, ndị ọgọ ya ga–abịakwa soro cheere ya abalị. Di ya ga–enye ha ọjị, mmanya, ọkụkọ ma ọ bụ ewu oke aka ya ha. A ga–esikwara ha ji ha ga–eri n'abalị ahụ.

Ndị ahụ na–eche abalị ga na–agụ egwu na–emekwa ụñara ga–eme ka ebe ahụ na–ekpo ọkụ.

Mgbe ndị ọgọ bịarutere a ga–enye ha obere ego tupu ha ekwe banye ebe a dọtara ozu ahụ. Ha lechaa anya, hụ na o nweghị ihe mgbagwoju anya dị n'ọnwụ ya ha ga–adọtị ya nyekwa ikike ka e jikwaa ya. N'ebe dị ka Okuma, ọ bụrụ agbọghọ na–amụtabeghị nwa a ga–eji agụba kanye ya akara n'ehe nke ga–eme ka o nwee ike ịmụta nwa mgbe ọ ga–alọ ụwa.

Ihe mbụ a na–eme n'ijikwa ozu bụ isa ya ahụ. Ụmụ nwanyị abụọ ma ọ bụ atọ katara ahụ ga–eji mmiri nọrọ ezigbo ọkụ saa ya ahụ n'azụ ụlọ. Mgbe a sachara ya ahụ ha ga–eyinye ya akwa werekwa akwa di ya zụtara dozie ya otu ọ dị mma. Ọ bụrụ onye mụtara nwa a ga–eji ụfọ mmiri e jiri safọ ozu ahụ ahụ were saa ụmụ ya ụkwụ. Otu a ka a na–eme n'ala Ngwa iji gbochie nwanyị ahụ ịbịa kpọrọ ụmụ ya. N'ebe ụfọdụkwa a na–eji mpekele akwa nwanyị ahụ nyawa ha n'olu ma ọ bụ gbawa ha n'aka ma ọ bụ n'ụkwụ.

N'ọtụtụ ebe dị ka akụkụ Nnewi, Mbaise, Ngwa na Mbanọ a na–ebula ozu nwanyị na–enweghi nwa, nke ụmụ ya na–etopụtabeghị ma ọ bụ nwanyị ụmụ ya nwụchara anwụcha, n'ala a mụrụ ya. Ma ọ bụrụ na di ya chọrọ ka e lie ya n'ụlọ ya ọ ga–eme ihe yạ na ihe na–eso. Ọ ga–atụ aka ebe ụmụnna ya ga–egwu ala liere ya nwunye ya.

Ọ bụrụ mba na–ebu ozu ebu ha ga–akpọrọ ụmụ okọrọbịa ga–ebu ozu ahụ bịa. Di ya ga–enye ha otu ukwu akwa jọọjị ha ji ebu ozu mekwara ha omenala dị ka ọjị, mmanya, ncha na ntakịrị ego. Ha ga–agụ egwu ogbe na–eso ozu ahụ n'azụ. Di nwanyị ahụ, ụmụnna ya na ndị inyom di ya ga–esokwa ha jee hụ ebe e liri ya. N'ebe dị ka Oduma ha na–eli agbọghọ nwanyị na–amụtaghị nwa n'ọhịa. N'Ọzụbụlụ ndị di ya ga–ebupụta ozu ya n'ama tupu ndị ala ya eburuzie ya lawa. Ha anaghị esi n'ọnụ ụzọ ngwuru ebuba ozu ya. Ha ga–akwatụ aja ngwuru si ebe ahụ buba ya.



Ozu nwanyị e bu a ga ụmụnna ya maka olili.

## Ozu agadi nwanyị

Ụzọ e si eli ozu agadi nwanyị katara ahụ dị iche n'otu e si eli agbọghọbịa. A na–enyekwa ya ugwu katara akata dị ka otu ọnọdụ ya dị. Ọ bụrụ nwanyị nwere aka mgbe ọ dị ndụ, chie echichi ụmụ nwanyị ala ahụ na–echi ma ọ bụkwa na ụmụ ya nwere aka ọ na–ala olili pụrụ iche na nke ndị n'a–hụghị ma rachaa. Onye dị otu a, ụmụ ya na–ahụ na ha mesara ya ịhụ nke ga–abụ ha lichaa ya a naa ha aka. Ọtụtụ oge, nwanyị katara ahụ na–agwa ụmụ ya mgbe ọ dị ndụ ma ọ bụ mgbe ọ hụrụ na ya ariawala ọnwụ, ihe ha ga–eme mesaa ya ihu. Mgbe okwu dị otu a dara, ụmụ ya ga–eji ire ha gụọ eze ha ọnụ bidokwa n'oge mewa nkwado n'ihi na udu mmiri ọnwa isii abụghịkwa ihe mberede. Ọ bụrụ na ọ na–arịa arịa tupu ya anwụọ, ụmụ ya ma ọ bụ di ya (ọ bụru na di ya dịkwa ndụ) ga–ezipụrụ ndị ụlọ ebe a mụrụ ya ozi gwa ha na ahụ adịkwaghị ya. Nke a na–abụkarị ma ya ghọwa ọnwụ. Oge ọ nwụrụ ụmụ ya ahụ ga–akpọ ndị ụmụnna na ndị ezi gwa ha na chi ejibidola ha. Ha ga–emere ụmụnna omenala ya n'ozu na–eso. N'ebe ụfọdụ ọ bụ okenye dị n'ezi na–enwe ịkpọ ndị ụmụnna. Ha ga–anọ n'ọgbakọ ha ebe ahụ họpụta mmadụ ole na ole ha ga–edunye ozi ka ha gaa gwa ụmụ ya ndị nwanyị na ndị di ha na ukwụ ejiele agụ. N'ebe dị ka Ngwa, Mbaise, Owere na Ụmụahịa ha na–ejikwa ego aga ije a. A hụghị ego ya ama kama ọ bụ oke aka ọgọ na nwunye ya ha ka ego e ji aga ya bụ nchọ ga–aha. Ihe a na–akpọ ozi a bụ ịga nchọ. A na–atụ anya na ego ọgọ ga–eji dughachi ego nchọ ga–eru ya mmaji abụọ ma ọ bụ karịakwa. Ego a na–eji aga nchọ na nke ọgọ di ada na–akacha nke ndị ọzọ. Ha ga–anọkwa ebe ahụ gwa ndị ọgọ ihe nile ha ga–eji abịa ili ọgọ ha nwanyị.

N'otu oge ahụ kwa, ada na ọkpara nwanyị ahụ na ụmụnna ya ole na ole bụ ndị olu ha bụ ogele n'okwu ga–aga ụmụne (ikwu nne) ha ịgwa ha na ihe dara n'ala agwaala aja. Mgbe ha rutere ha ga–eje n'ụlọ okenye dị n'ezi ahụ. Ọ bụzi ọrụ okenye ahụ ịkpọ ụmụnna ya ole dị

n'ụlọ gwa ha na ọbịa bịaara ya. Ndị a bịara nchọ ga–eji ọjị anọ, ose ọjị, udu mmanya na ego a na–ana na nchọ nye ndị nwe ụlọ. Ọtụtụ oge, ego a na–ana na nchọ na–abụ ego ole ha na ndị ụmụne ha kwubiri dị ka oke aka ruru ha. Na Ngwa isi ego a hụrụ mma e ji aga nchọ bụ kọbọ iri na anọ, ma nke a apụtaghị na a kụrụ ya ntu. Ada na ọkpara ya ahụ soro gaa nchọ agaghịkwa anọ ọdụ n'oche ruo mgbe ha ji ala. Nke a bụ ihe mbụ na–egosi ndị nwe ụlọ na ije ha bịara abụghị ọrịrị (ụrị). Ihe ọzọ na–ezipụtakwa ụma obi ha bụ na ha na–ajaghawa isi ha ajaghawa kebiekwa akwa n'ukwu. Ọ bụrụ na okenye ọ bụla anọọ ọdụ n'oche mgbe ọ bịara nchọ ndị ikwu nne ya na–asị na ọ na–añụ nne ya. Ha ga–eme ya iwu ite mmanya tupu ha atụpụrụ ya ọnụ. Nke a anaghị abụ n'iwe kama ọ bụ ụzọ a na–eji anata ha ego. Ọtụtụ oge, ndị mmadụ na–elezi anya anọ ọdụ n'oche kama ha ga–anọ ọdụ n'ala iji zipụta na ha jikeere ejikere imesa nne ha ihu zikwa ha na ihe dị n'akpa dibia.

Ọ bụkwa n'ije a ka ndị ikwunne ha ga–agụrụ ha ihe nile ha ga–eji eli nne ha. A na–akpọ nke a ịgụ ọgụgụ ozu. Ha ga–anọ ebe ahụ kweta ndị ha ga–eme ma ọ bụ ndị ha ga–ekwe nkwa ime n'ọdịnihu. Dị ka ọkwa mba si ebe n'olu n'olu otu ahụ ka ihe a na–agụ n'ọgụgụ ozu na mba ọ bụla si dịkwa iche iche. Ihe ndị a na–abụ ehi, ewu, ọkụkọ na ego dị ka omenala ha siri dị na oke aka ndị a na–agụrụ ya ha.

N'ebe dị ka Udi na Ngwoo omume a bụ ịga nchọ dịtụ iche. Ọ bụ okenye dị n'ezi ebe a lụrụ nwanyị ahụ ga–eje n'ụlọ okenye ndị mụrụ nwanyị ahụ gwa ya na nwa ha anwụọla. Nanị kọbọ abụọ ka ọ na–enye ya gwakwa ya na ya akwụchaala ụgwọ ya ji ya. Ha na–asị na nke a bụ ụgwọ ikpe azụ ha na–akwụ n'ọlụlụ nwanyị. Ndị ahụ a gara nchọ ga–asị ha lawa na ha na–abịa. Ebe ọ bụ na nwanyị ahụ akatala ahụ, ọtụtụ oge ha anaghị etufu oge ịsị ka ha gaa n'afa ịmata otu mmiri siri baa opi ụgbọgọrọ ime. Ha na–edupu ndị mmadụ ka ha sochie ha azụ gaa dọtịa ozu ahụ. Mgbe ha ruru a na–enyekwa ha ego tupu ha abaa

n'ime ụlọ ebe a dọtara ozu ahụ. Mgbe ha dọtịchara ya ha na–agwa ụmụ ya ka ha mewa njike. N'ọtụtụ ebe ọ bụ ọrụ ụmụ ya ịhụ na a dọtịrị ya oge ahụ ọ nwụrụ na–echeghị mgbe ndị ikwunne ha ga–abịa.

Mgbe ihe ndị a na–aga ụmụ ya ga–agba izu otu ha ga–esi lipụta nne ha ụda n'ịhị na a sịrị na anyụkọọ mamịrị ọnụ ọgbaa ufufu. Ha ga–ebido n'oge mewe njike. Ọ bụrụ oge ochie a na–amịkpọ ozu, ha ga–ahụ na ọ gaghị ere ure ruo mgbe ha kwadebere ili ya. N'ebe dị ka Ngwa na Mbaise ọ bụ di ada ya ga–azụta ute ekwere ma ọ bụ ọfọ ma ọ bụ ịgbe (akpatị) ozu e ji eli ya. Ọ ga–azụtakwa ukwụ akwa jọọjị abụọ, otu ebele mmanya, otu ewu, ego na otu ụzọ egwu. Ụmụ ya ndị nwanyị ndị ọzọ ga–azụtakwa ukwu akwa jọọjị abụọ, otu ebele mmanya na ego a ga–agwa ha weta. Ọ na–abụkarị ada ka ozu nne ya na–atụ n'isi. Ma, ọ bụrụ na ada na di ya ejighị aka, ụmụnne ya ndị ji aka ma ọ bụ ha nile ọ bụladị ma ndị nwoke ga–atụkọta aka n'ime ihe banyere ili nne ha ka akọmọnụ hapụ ịdị ya. Ndị Igbo sịrị onye aka dị lie nna ya na ọ bụghị ọkpara gburu ya. N'ọtụtụ ebe dị ka Owere, Oduma, Nnewi, Mbanọ, Isiagụ na ebe ọzọ dị iche iche a naghị ekega ihe dị n'ili ozu ekega kama ọ bụ onye tụnye onye tụnye abọ (arọ) eju n'ọnụ. Ma iwu bụ na ha ga–asagide nne ha ukwu akwa jọọjị n'otu n'otu ọ bụladị na onye ahụ ahụghị nke ọ ga–aracha kama ya agaa mgbazi ego.

Site n'abalị ụbọchị ahụ ọ nwụrụ ndị ụmụ ọkpụ (ụmụ ada) ibe ya ga–abịa ụra ozu (ịkwa abalị, iche abalị, nche abalị). Ha ga–esị mba dị iche iche ha lụrụ di bịa. Nwada ọ bụla nụrụ na ibe ya nwụrụ na–ahapụ ihe ọ bụla o ji na–aka jee ebe ahụ. Ihe ụmụ ada na–eme ebe ozu nwụrụ abụghị ihe e ji ọnụ akọ. Ọ na–adị ka ugo daara ha, nke ka nke ma ya bụrụ ebe akụ a ga–asụ n'ọnụ dị adị. Nke a kacha njọ n'akụkụ Owere. Ha na–akugbu ọkụkọ na ụmụ obere akụ ụlọ ndị ọzọ ha hụrụ ebe ahụ. Ha na–abụsa ihe oriri ọ bụla ha hụrụ dị ka akụ oyibo (akụ bekee), unere

(abịrịka), ogede, epe (oroma) ọka na mkpụrụ osisi ndị ọzọ dị n'ezi ebe ahụ na–agbanyeghị onye nwe ya. O nweghị ihe a na–eme ha ma ha bụsasịa ihe ndị a. Kama ọtụtụ oge a na–enye ha ego iji gbochie ha ịbụsa ihe ndị mmadụ. Ha na–ebokwa ndị mmadụ ebubo dị iche iche. Ha nwere ike jide ndị nwunye nwa ya sị na ha ga–etigbu ha n'ihi na ọ bụ na ha eletaghị nne di ha anya mere o jiri nwụọ. Ha nwere ike kpụpụta ụmụ ya ndị nwoke ndị ntakịrị ma ọ bụ ụmụ ụmụ ya sị na ọ bụ na ha jụrụ ikwachiri ya ụlọ mere mmiri jiri higbuo nwanne ha nwanyị. Ha na–ebo ndị mmadụ ebubo anyanọnụ dị iche iche. Onye ọ bụla ha mere otu a agaghị enwe mgbagha nanị kwa ma ọ kwụrụ ha nha ha ga–ada ya. O nwere ike bụrụ n'ego ma ọ bụ na mmanya. Nke a anaghị adị n'ihe omenala ụmụ nwanyị ahụ ga–emere ha n'otu n'otu. Tupu ha na–ericha nke e nyere ha ha achọtakwa onye ha ga–ebo na ọ rọrọ ha anya.

Ụfọdụ ihe dị n'omenala a na–emere ha bụ ọjị, ọkụkọ ma ọ bụ ewu ha ga–eji esi nri ma ọ bụ ji ha ga–erị n'abalị ọ bụla. N'Owere, akụ na ọka ga–esokwa n'ihe a ga–enye ha. Oge ụfọdụ a na–eji ego eme ụfọdụ ihe ndị a.

Ọ bụ eziokwu na ụmụ ọkpụ na–eme ka udele ozu daara, ma ha na–eme ka ebe mmadụ nwụrụ na–ekpo ọkụ. Ha na–agụ egwu dị iche iche na–etukwe ozu ahụ aha n'egwu. Ha nwere ike iji aha ya rọpụta ụfọdụ egwu ha ga na–agụ na–ekwukwa ụfọdụ ihe o mere. Ha na–arọkwa uka ọchị dị iche iche. Ihe ndị a na–eme ka iri uju dị ndị mmadụ n'obi belatatụ. Otu a ka ha ga–anọgide ruo mgbe a ga–eli ozu ahụ.

Ọ bụghị nanị ụmụ ọkpụ na–eche abalị. Ndị ndom ibe nwanyị ahụ na–esokwa echegide ozu ya. Ha ga na–emekwa ụñara. A ga–enyekwa ha ihe ha ji egbo ụra n'ihi na a naghị agba aka ehigide ozu. Ha ga na–ejekwa ọtụtụ ozi dị iche iche dị ka ichu mmiri, ịkpata nkụ na isita nri ndị ọbịa ga–eri. Ebe ụfọdụ ha na–atụkọta otu ọkwa nri otu ọkwa nri buru bịa ebe ahụ ebelebe gburu. Ọ

bụrụkwa na nwanyị ahụ bara otu ma ọ bụ chie echichi dị iche iche, ndị otu ahụ nile ga–abịakwa ichere ya abalị kwanyekwara ya ugwu dị ka omenala otụ ha siri dị.

A sịrị na ọ bụ o metụta imi o metụta anya. Ndị enyi, ụmụnna na ọgọ ndị ahụ nne ha nwụrụ ga na–ebutere ha mmanya ma ọ bụ ọjị ha ga na–eji enye ndị ọbịa n'ihi na ha maara na isi akpụkpa na–eri mmanụ.

N'ụbọchị a ga–eli ya ndị ala a mụrụ ya ga–abịa. A ga–enye ha ihe nile ndị a ha gụrụ n'ọgụgụ ozu. N'akụkụ Owere a na–enye ha ewu anọ. Otu bụ ewu nkụgbu, otu abụrụ ewu obi, ewu ịkwa ihu na ewu ụzọ. Nke a bụ ewu ụzọ dị ka o metụtara Igbo nile. Ọ na–abụ iji akwụ ụgwọ ewu ndị nwe nwanyị ahụ kpụnyere ya mgbe ọ na–ala n'ụlọ di ya. N'ọtụtụ ebe dị ka Ngwa, Mbaise, Isiagụ, na ebe ndị ọzọ dị iche iche, a na–eji ọkụkọ dochie anya ewu ụfọdụ ma ọ bụ mee ha n'ego. Aka dịkwa ndị na–eli ozu ha nwere ike zụta ehi iji dochie anya akụ ukwu anọ nile a ga–agụrụ ha. Ọ na–abụ ihe iji ana–aka ma ha mee nke a.

Ọ bụrụ ebe a na–ebu ozu ebu ndị ahụ nwe ozu ga–akpụrụ akụ ndị a burukwa ozu nwa ha laa. Ọ bụrụkwanụ ebe a naghị ebu ozu ebu ha ga–eji ahụ ehi ahụ nwere ozu nne ha. Ndị mere otu a na–asị na ha ebulaala nne ha. O nweghịkwa ihe ọzọ fọdụrụ ha ime dị ka ịkwa ozu ebe ha nyerela ndị ikwu nne ha ehi. N'Oduma, ndị ahụ ga–egbu ehi na ịnyịnya oke aka ruru ha. Nke a agaghị egbochi ha iweta otu ewu ụmụ ya ga–eji nanị aka kụgbuo. Ọ bụrụ na ha ejighị aka, ha ga–eme oke aka ruru ha n'ihi na nwa nza na–agba ọbara oke ọ ha. Ha ga–ekwe nkwa mgbe ha ga–eme ihe ndị fọdụrụnụ. O nwere ike bụrụ mgbe ha ga–eli (ịkwa) nne ha. Ebe ọ bụ na mmadụ anaghị efu afọ ihe ya furu, ndị ikwu nne ha ga–ewere ihe otu ha hụrụ n'ihi na mkpacha akpachaghị akụ ma nricha erichakwanụghụ ya. Ha ga–enye ikike ka e lie ya.

Tupu e lie ozu a na–eji ya ngwa. A ga–esi mmiri nọkara ahụ ụmụ ada abụọ ma ọ bụ atọ ndị katara ahụ ga–eji saa ya ahụ. Ha ga–akwakwa ya mmanụ ma ọ bụ kwuo

ya uhie. Ha ga–eji akwa nile ndị a ụmụ ya nile wetara jikwaa ya otu dị mma. Ọ bụrụ oge a na–eji ọfọ ma ọ bụ ute ekwere eli ozu ndị nwoke ga–abịa kechie ya. Ma n'oge a ihe a ga–eme bụ itinye ya n'igbe (akpati) ozu kuchie. Tupu a na–akụchi ya ụmụ ya nile ga–abịa lechaa ya anya ikpe azụ. Ụmụ ụmụ ya ndị nwekwara obi idi ihe ga–esokwa lee ya.

Ọ bụrụ ebe a naghị ebu ozu ebu ụmụ ya ga–ezi ebe a ga–egwu ala lie nne ha. N'ebe dị ka Isiagụ na Achịna ha na–eli onye ahụ na ntakịrị ụlọ a na–akpọ ngwuru ma ọ bụ gwuo ala n'ime ụlọ ya lie ya. Ọ bụrụ obodo nwere ebe dị iche ha na–eli ozu a ga–aga ebe ahụ chọpụta ebe dị mma lie ya. Ma n'ebe ụfọdụ ọ bụ ebe ha hụrụ ala pụtara ha elie ya, ma ọ gaghị abụ n'ama.

Ọ bụrụ ebe a na–ebu ozu ebu a ga–enye ụmụ okorọbịa ha ihe dị ka omenala dị, udu mmanya, ọkụkọ. Ha buru ozu na–aga ụmụ ọkpụ na–ekwe ọgbe eso ha n'azụ. Ndị di ya ndị otu ya ọ bụladị ndị ụka na–agụ egwu eso ha ruo mgbe e lichara ya ebe ahụ. Ọ bụ ndị ebe ahụ nwe ịchọpụta ebe a ga–eli ya na–igwu ili ya. O nwere ike bụrụ n'ezi, n'ebe ha siri fee obi (ọkpụlọ) ma ọ bụ ebe ndị ala wepụtara a na–eli ozu. Mgbe ha lichara ya ha ga–enye ndị ahụ dutere ozu mmanya, ọjị na ihe ọzọ ha nwere ike. Ọ bụ ugbu a e lichara ya ka ụmụ ya ga–enwe ike ịsa ahụ. Na Mbaise, ụmụ ya ga–anọ n'ikwu nne ha ebe ahụ saa ahụ ma riekwa nri tupu ha alaa. Oge e lichara ya ụmụ ya ga–akpụrụ ya isi mkpe.

## Ịkwa ozu nwanyị (ime ọkwụkwụ nwanyị)

Ọ bụrụ na ndị nne ha nwụrụ ejighị aka imecha ihe nile dị na ya n'oge ahụ o jiri nwụọ, ha ga–echere ruo mgbe ego batara ha n'aka n'ihi na ebule na–ala azụ asọ mpi. O mẹ mgbe o ji ka onye ohi mma. Ọ nwere ike wee ha ọtụtụ afọ tupu ha ana–akwa nne ha. Mgbe ha jikeere ma ọ bụkwa ma nne ha waa ha n'afa (aja) ha ga–agwa ụmụnna ha na

ndị ikwunne ha na o ruola mgbe onye gburu agụ ji apụ ahịa. Ha ga–eburu mmanya gaa ka ndị ikwunne ha gụọra ha ọgụgụ ịkwa ozu. Hà ga–ajụpụtakwa ihe ha ga–emere ndị amaala ha. Ihe a na–eji akwa ozu na–abụ ehi ma ọ bụ ịnyịnya dị ka ọ dị n'akụkụ Oduma, ewu, ọkụkọ, ọjị, mmanya, abọ ede na ihe ọkụkụ ndị ọzọ nwanyị na–akụ n'ubi.

N'ụbọchị ha yiri ịkwa ya ha ga–esinye nri esinye, mmanya ga–abụ were aka gị gbuo onwe gị n'ihi na ndị nile hụrụ ha n'anya na–ebutere ha mmanya. Ha ga–akpọ ụdị egwu dị iche iche e ji eli nwanyị. Ọ na–abụkarị egwu ụmụ nwanyị. Na Ngwa egwu a hụrụ ama ịji eme ọkwụkwụ bụ egwu ukom. Ha ga–egbukwa ọkụkọ, ewu na ehi ahụ iji kpụọ ndị ọbịa. Ha ga–akpụnye ndị ikwu nne ha otu ehi. Ndị nile lizuru nne ha ga–enwe oke pụrụ iche n'ihe nile ndị a egburu n'ihi na ọ bụ ha ka a na–egburu ya.

N'echi ya ada na ụmụnne ya ndị nwanyị ga–ejike nke ọma gbaa aka, ha na ndị egwu ukom na ụmụọkpụ ga–eje ahịa. A na–akpọ nke a ịzụ ahịa ọkwụkwụ. Ndị mmadụ ga–ekesikwà ha ego mgbe ha na–eme ụñara. Ịzụ ahịa ọkwụkwụ a na–abụ ngwụcha ịkwa ozu nwanyị.

## Ọnwụ nwoke katara ahụ

Ọnwụ bụ isi njedebe a maara dịịrị onye ọ bụla. Onye ọ bụla nwụrụ anwụ kwesịrị ka a kwaa ya ma likwaa ya. Mkpụrụ aka na ibe ya ahaghị n'ogologo. Nke a kpatara na ọ bụghị otu e si kwa nwata ka e si akwa okorọbịa. Ụzọ e si akwa nwanyị lụrụ di dịkwa iche n'ụzọ e si akwa agbọghọbịa. Nwoke nwere ezi na ụlọ katara ahụ nwere ụzọ e si akwa ya.

Aga m eleba anya n'otu e si akwa nwoke katara ahụ nwere ezi na ụlọ. Onye dị otu a nwụọ, ọ na–abụ oke ozu nwụrụ n'ihi na ihe ji ezi na ụlọ ahụ adaruola ala. Ịkwa ya na–ewe ọtụtụ ego. Nke a kpatara na ọ bụrụ na onye ga–

akwa ya adịghị nkwadebe ọ ghaghị ịkpọ ụmụnna ya gwa ha ihe mere. A ga–eli ozu onye ahụ n'abalị ahụ ma bịakwa kaa mgbe a ga–akwa ya. Ọ bụ nke a kpatara na onye katara ahụ nwụọ, anaghị ekwe ka ndị ezi na ụlọ ya bee akwa n'ihi na a mabeghị ma a ga–akwa ya akwa ka ọ bụ na a gaghị akwa ya.

Ọ bụrụ ozu a ga–akwa ozigbo, a na–ebido mgbe onye ahụ kubiere ume wee gbakeriwe ala dị na ya. Ụmụnna ga–agbakọ mgbe ọ bụla e ziri ha ozi na ihe dị otu a mere wee bịa gwa onye ga–akwa ozu ihe ọ ga–eme. Nke mbụ bụ ije n'afa chọpụta ụdị ọnwụ onye ahụ nwụrụ. Nke abụọ bụ ije gota otu ehi a ga–egburu obodo. Nke ọzọ bụ izi ndị ọgọ, ịkwu na ibe, ndị ikwu nne onye nwụrụ anwụ na ndị ọ bụla dị mkpa na a ga–agwa. Ọ bụrụ oge udummiri a ga–ahụ onye mmiri anya maka iji mmiri ụbọchị ahụ. A ga–achọ ndị olu ụñara (ndị ekwe, ọyọ,ịgba na ndị mkpụkpọ). A na–eje na nke onye egbe mkpọnala maka ịgba egbe ụbọchị ahụ. A ga–achọ ụmụada nile lụpụrụ di.

Maka ịhi oke nkwadebe di n'ịkwa nwoke katara ahụ, ọ naghị ekwecha omume ịkwa onye ahụ ozigbo ọ nwụrụ. N'akụkụ Ọzụbụlụ, Nnewi, Ọraifite, Ụkpọ na Ihembọsị, ọ bụrụ na nwoke katara ahụ nwụọ ma ọ kwaghị nna ya, ị mara na a ghaghị ibu ụzọ kwa nna ya ahụ tupu a kwaa ya. Ọ bụ nke a kpatara na o nwere ndị a na–akwa ka ọ gatachara ihe dị ka iri afọ abụọ onye ahụ ji wee nwụ. Onye nwụrụ anwụ ma a kwaghị ya akwa, a naghị eso eketa oke na nke ndị mmụọ. Ọ bụ nke a na–akpata na ịkwa ozu ụfọdụ na–awa mmadụ n'afa. O nwere ike bụrụ onye onye ahụ amaghị mgbe ọ nwụrụ ma ọ waala ya n'afa, ọ ghaghị ịkwa ya.

N'abalị ga–efo ụbọchị a ga–akwa ozu, egbe mkpọ n'ala na–ebido dawa n'ike n'ike. Nke a bụ iji gwa ụmụ mmadụ na ebelebe ga–egbu echi ya. N'ụzọ ụtụtụ ụbọchị ahụ, a na–ebido emume ịkwa ozu site n'ime ihe a na–akpọ imesu ozu. A na–eme ya bụ emume ma ọ fọdụ nwa

ntakịrị ka chi gbasaa nke ọma. Mmadụ ruru iri abụọ gapụ n'isi ama onye ahụ nwụrụ anwụ wee mesuo ya. N'ime ha, ndị ekwe na ndị mkpụkpọ ga–anọ ya. Onye ekwe na–ebu ụzọ kụtụ ekwe, ozigbo onye ọ bụla mara ụzọ dị ya mma o si na–eme mkpọtụ, na–eti mkpu. Onye ekwe ga–akụrụ ekwe ya na–aga n'ihụ ebe ndị mkpụkpọ ga na–eti mkpu ndị akwa a na–ebekwa.

Mgbe ndị mmadụ nụziri mkpọtụ a, ha ga–ebido bịawa n'isi ụtụtụ ahụ ikele ndị ozu nwụnahụrụ. Nke a ka ndị akụkụ Nnewi, Ụtụ, Osumenyị, Ọzụbụlụ na ụfọdụ obodo ndị ọzọ na–akpọ igbaje mkpu ụtụtụ. Ọ bụ oge a ka ndị mmadụ ji enye aka n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụrụ na ozu onye a na–akwa dị n'elu nke pụtara na a ga–eli ya ụbọchị ahụ, ụfọdụ ndị ogbe gbatara nkpu ụtụtụ ga–ebido gwuwe ala ili. Ndị ọzọ ga–ebido were igu nkwu rụpụta ebe ndị ga–akwa ozu ga–anọ ka anwụ ghara ịcha ha. Obere ụlọ ahụ ha ga–arụpụta ka ndị Ọzụbụlụ na–akpọ mkpukpu. Ndị ọzọ na–akpọ ya ndo. Mgbe ihe ndị a na–eme, onye egbe mkpọ n'ala na–agba egbe ụtụtụ. Ọ bụrụ na a machaa mkpukpu ma gwuchakwaa ili, onye na–akwa ozu ma ọ bụ ndị na–akwa ozu na–ewepụta ọjị na mmanya nye ndị bịara ịgba mkpu ụtụtụ. A tachaa ọjị ma n̄ụchaa mmanya, onye ọ bụla agbasaa jee kwadebe maka akwa ehihie.

Ndị ụmụnna na agbatobi ga–eji oge a wee gaa ahịa iluta mmanya na ịzụta ọjị maka ndị ga–abata n'ụlọ ha n'oge akwa ehihie. Nanị ụmụ nwoke na ụmụntakịrị nwere ike ije ahịa. Iwu ji nwanyị ọ bụla si n'ụmụnna na–akwa ozu ije ahịa wee ruo otu izu.

A ga–amakwụnye ehi onye na–akwa ozu ga–egburu obodo n'otu akụkụ ebe ndị mmadụ nwere ike ịdị na–ahụ ya anya. Site n'ihe ndị mmadụ ga na–ekwu ma ha lepụrụ ehi ahụ anya ka onye ọbịa ga–eji mara ma ehi ahụ o ruru ihe a ga–eji ya me ka ọ bụ na o rughị. Onye ọ bụla na–akwa ozu onye katara ahụ na–agba mbọ hụ na ya mechapụrụ onwe ya ihere n'ihu site n'ịzụta ehi chara acha.

Onye na–akwa ozu ga–agbakwa mbọ hụ na nri, mmanya na ọjị dị maka inye ndị ga–abịa akwa kwesịrị ịkpọba n'ụlọ. Ego ndị mmadụ na–enye onye na–akwa ozu ka ndị akụkụ Ọnịcha, Ihiala, Ọlụ, Nnewi, Ọka na obodo ndị ọzọ na–akpọ ego uni. O nwere ndị ga–enye ego uni, onye na–akwa ozu asị ka enye ya nani ọjị. Ndị ụfọdụ ka ọ na–asị ka e nye mmanya na nri n'ime ụlọ.

N'oge ehihie ka ndị ọgọ ji abịa akwa. Ọ bụrụ onye mụtara ụmụ nwanyị lụgoro di, akwa ya na–ekpo nnukwu ọkụ n'ihi na ndị ọgọ ya nile ga–abịa. Ndị ọgọ na–ejikarị ehi, obi akwa abụọ na mmanya abịa akwa ọgọ ha nwoke nwụrụ anwụ. Onye ego ya erughị nke ịzụta ehi na–eji ego ruru iri naịra abụọ ma ọ bụ karịa abịa akwa.

N'ụfọdụ obodo dị ka Ọzụbụlụ, Ọkija na Ụkpọ, ha na–etinye ego ha na akwa n'osisi n'ụdị mmadụ ga–ahụ ya anya nke ọma wee buru ha na mmanya e ji akwa ọgọ. Oge ụfọdụ ha akpọrọ ndị egwu ma ọ bụ mmanwụ ka ndị mmadụ wee mara mgbe ndị ọgọ ji bịa akwa. Ha bata n'ihu akwa nyechaa onye na–akwa ozu ihe ha jiri bịa akwa, a na–akpọrọ ha jee gosị ha ebe ha ga–anọ. Ebe a ka a ga–ahụ na ha tara ọjị rie nri ma ñụọkwa mmanya.

N'oge mgbede rubere, a ga–egbu ehi ahụ onye na–akwa ozu zụtara maka obodo. Ọ bụ n'ihu akwa ebe ahụ ka a na–egbu ya bụ ehi. Ọ bụrụ n'akụkụ Ọlụ, ọ bụ echi ya ka a ga–egbu ehi ahụ. A na–ekekwa anụ n'usoro obodo debere. Ogbe ọ bụla ga–enweta oke ha, ndị ekwe, onye jiri mmiri na ụmụada ga–enweta oke ha kwa. Ndị na–eke anụ a na–akawa ahụ ịhụ na o zuru oke ka o kwesịrị. Ọtụtụ oge nsogbu na–adapụta ma e kechaa anụ ehi ahụ. Onye ọ bụla na–akwa ozu na–arịọ Chineke ka ụdị nsogbu a ghara ịdapụta n'akwamosu nke ya.

Ndị mmadụ anaghị akọ akọ ebe ahụ a na–akwa ozu wee ruo n'ime abalị. Ọ bụrụ ozu elibeghị, ọ bụ n'ime abalị ahụ ka a ga–eli ya. Ọ bụ ndị katagoro ahụ na–anọ ebe a na–eli ozu ahụ.

Ụmụada na–anọgide ebe ahụ a kwara ozu wee ruo abalị atọ. N'abalị ụbọchị ahụ a kwara ozu, ụmụada na–agụ egwu na–agaghari n'ogbe. N'Ọzụbụlụ ha na–akpọ nke a ịkpọ oloo. Chi foo, a na–eme emume a na–akpọ ikpochi ala ili. Ndị na–adịkarị mkpa n'emume a na–abụ ndị ogbe na ndị ọgọ.

Ndị ọgọ ọ bụla na–eji udu mmanya aka abụọ wee bịa maka ikpochi ala ili. Ọ bụ oge ahụ ka a na–eji atụle maka otu e si kwa ozu ụnyahụ ya. Ọtụtụ oge o nwere ndị ọgọ anaghị eletacha anya nke ọma ụbọchị a kwara ozu maka ihi ụba mmadụ. Ọ bụ ụbọchị ahụ a na–ekpochi ala ili ka ndị ọgọ dị otu a na–enye mkpesa ha, e wee mezie ha otu o kwesịrị.

N'ụdị akwamozu dị otu a mmanwụ ọ bụla ndị ọgọ ma ọ bụ nwadịala du wee bịa akwa na–enweta otu oke ọkpa n'aka ndị na–akwa ozu. A na–ebunyekwa ha udu mmanya aka abụọ. Ọ bụ ụdị ihe dị otu a ga–abụ ọ bụrụ na e meghị, ndị ahụ abịa mmkpesa ụbọchị a na–ekpochi ala ozu.

Na mgbe gboo, anaghị e ji igbe eli ozu ndị katara ahụ. Ọ bụ ute ka a na–eji eli ha.

Mgbe a na–ebido ịkwa onye katara ahụ, ihe izizi a na–eme nwunye ma ọ bụ ndị nwunye ya bụ ịtọsị ha isi ha kere eke. Abalị abụọ gaa e ji kwa ozu, a na–akpụ ha isi. Ọ bụghị onye ọ bụla na–akpụ ha isi ahụ. Ndị nwere ike ịkpụ ha isi ahụ bụ ada nwanyị na–akwa di ma ọ bụ nwanne nwanyị onye nwụrụ anwụ.

Ọ gaa izu asaa e ji kwa ozu, a na–asị na izụ onye ahụ ezuola. Ọ bụ ụbọchị ahụ ka ụmụnna, ndị ogbe na ndị ọgọ na–agbakọwa iji mezu omenala fọrọ n'ịkwa ozu. Ụbọchị ahụ ka onye ọ bụla ji onye nwụrụ anwụ ụgwọ ga–apụta kwuo. Ọ bụrụ na o nwere onye onye ahụ nwụrụ anwụ ji ụgwọ, onye dị otu a aghaghị ịpụta kwuo ego ole o ji ya. Ọ bụrụ na o nwere onye gbadoro ala onye ahụ nwụrụ anwụ n'ibe, ọ ghaghị ịpụta kwuo.

Ọ bụ ọlụ diịrị ezi na ụlọ ndị kwara ozu na ụmụnna ha

ima ka a ga–esi kwụ ụgwọ onye nke ha nwụrụ anwụ ji ma ọ bụ gbata ụgwọ nke mmadụ ọzọ ji ya. Ọ bụrụ na ụmụ onye ahụ nwụrụ anwụ etolitebeghị, ụbọchị ahụ ka ụmụnna na–eleba anya otu a ga–esi zụ ụmụaka ahụ. E nwere ike ịkpọnye ha ndị mmadụ ka ha lewe ha anya wee ruo mgbe ha tolitere.

Nnukwụ emume ọzọ na–abụ inye ọkụkọ. Nwata nwanyị di ya nwụrụ na–ewere ọkụkọ nye otu nwanne di ya ọ chọrọ ka ọ kụchie ya nke pụtara na bido ụbọchị ahụ gawa na onye ahụ ga–anọchizi anya di ya. Ọtụtụ oge ụmụnwayị di ha nwụrụ anaghị enye onye ọ bụla ọkụkọ. Ha na–asị na ha nọọrọ ụmụ ha.

Nwanyị di ya nwụrụ na–anọ n'uju otu afọ ma ọ bụ karịa tupu o yipụ akwa uju. Mgbe o yipụrụ akwa uju, o bidozie jewe ahịa, ọrụ na ọgbakọ ndị obodo na–eme.

## Olili na ọkwụkwa nwoke chiri ọzọ

Ọ bụrụ na nwoke chiri ọzọ anwụọ n'akụkụ Ọlụ, tupu onye ọ bụla amara, ndị ọzọ ibe ya ga–ebu ụzọ gaa ebe ahụ jụọ ozu onye otu ha ñjụjụ. Ihe nke a pụtara bụ, a ga–ewere mkpụrụ azịza anọ jụsa ozu ahụ n'ahụ nile. Onye ga–ajụ ñjụjụ a bụ onye isi ọzọ. Ọ ga–ekekọ azịza ahụ ọhụ nye diọkpara onye ahụ nwụrụ anwụ. Nke a ga–eme ka ọzọ nna ya ghara ịfụnahụ ya. Mgbe ọ kwachara nna ya ọ ga–akpọ ndị ọzọ luoro ha mmanya, sie nri. N'oriri a ka ha ga–ewerekwa ọzọ nna ya nyefee ya n'aka. A sị na ọkwa mba na–achị n'olu mba. N'obodo dị ka Ụtụ dị na Nnewi, Ngwoo na akụkụ Agụata, a chọpụtara na ndị chiri ọzọ anaghị ahụ ozu anya. Ya mere ha anaghị ajụ ozu onye otu ha ñjụjụ.

Na mgbe ochie, ozu ọzọ na–adọ ụbọchị anọ tupu a dọnye ya n'ime ili. N'ime ụbọchị anọ a ka ndị ọzọ ga–agba afa ka dibịa afa kwuo ihe ozu ga–eji ekpu ala. N'oge a kwa ka a ga–akpọ dibịa ga–agwọ ụrụ ọgwụ a na–akpọ oruma. Dibịa ga–eke ọgwụ a na ngwugwu na ngwugwu

lisasịa ya na ngwuru onye nwụrụ anwụ. Ọgwa a ga–eme ka onye ọ bụla ga–abịa akwa mà ọ bụ ọkwụkwụ nwee anya udo ka ihe ike ọ bụla ghara ịdapụta mgbe a na–akwa onye ahụ. Mgbagha ụka adịghị na nke a maka a naghị alị dibịa, mmụọ anaghị eghe nsi. A ga–ewere otu ngwugwu tụkwasị ozu n'obi ka ọ ghara iwe iwe ọ bụla. Dibịa na ndị okenye ụmụnna onye nwụrụ anwụ ga–ehie emu abụọ. Otu ka a ga–atọchi ụzọ e si abata na ngwụrụ onye nwụrụ anwụ. Nke ọzọ ka a ga–akwụba n'elu. Emu na–arụkwa ọrụ dị ka ọruma.

Oge nile a ozu dọrọ n'elu ala, ndị nze nile ga na–anọ ebe ahụ na–akwadogasị ihe a ga–eji akwa ozu. Ha na–atụhide onwe ha ọmụ nkwụ gburugburu. Ofeke enweghị ike ịba ebe ha nọ. O were anya na ozu a ga–ebido sibe isi tupu e lie ya., ma o nweghị ihe ga–eme ka onye nze ọ bụla bụpụ asọ mmiri. A ga–ada onye nze ọ bụla nwara anwa mee nke a nnukwu nha.

## Otu e si awa nkịta anya

N'akụkụ Ọlụ na Oru, a ga–awa ozu nkịta n'anya iji gosị na ọ bụ dike mgbe ọ dị ndụ. N'ụwa ya ọzọ ọ ga–abụkwa dike. A ga–eweta oke nkịta buru ibu hiepagide ya n'osisi ka ọ dị ndụ. Dibịa kara aka ga–atụ ya ọgwụ n'anya ka ọ ghara ịgba ọbara ma ọ bụ mmee mgbe ọ na–aghụpụta mkpụrụ anya ya. Mgbe ọ ghụpụtasịrị mkpụrụ anya ya, nkịta ahụ ga na–ekurịrị ume ndụ. Ọ bụrụ na ọ gbara mmee ma ọ bụ nwụọ mgbe a na–aghụpụta mkpụrụ anya ya, a na–enwe nkwenye na obi adịghị onye nwụrụ anwụ ụtọ. Nke a bụ nnukwu nsogbu n'ebe ndị nwe ozu nọ.

Dibịa ga–ewere mkpụrụ anya nkịta ahụ tụkwasị n'elu anya ozu ahụ. Ndị ụmụ ụmụ ma ọ bụ ndị nwadiala ga–eburu nkịta ahụ bọkerisịa ya. Ọ bụ ebule ka ndị akụkụ Nnewi na–awa ozu n'anya. Ma ndị Ọlụ nile na–agụba nze ebule n'obi igosị na ọ bụ dike. Ya mere e ji atụ ilu si, 'A hụghị ebule e lighị dike'. Ndị ga–eri ebule ahụ bụ ndị umerenne ma ọ bụ ikwu nne ya. A ga–akpawa ya ntị ewu

n'aka nri, kpawa ya nkụ ọkụkọ n'aka ekpe. Nke a ga–eme ka ọ kpaa akụ n'ụwa ya ọzọ. Ndị nwunye ya na ndị nwunye ụmụ ya ga–azụ ogbe azụ buru ibu a ga–akpụwa ozu n'ọnụ. Ada na diọkpara ga–ehu ya ji na ede na akụmakụ ndị ọzọ ka ọ ga–abụ n'ụwa ya ọzọ ọ ga–abụ onye ọrụ ugbo. A ga–enye ndị nze ewu asaa ha ga–eji wepụ ozu aka n'oche.

Nze ọ bụla ga–ejiriri ọ bụladị otu ehi Igbo wee laa mmụọ. A ga–eji ehi ahụ pụọrọ nze ahụ nnukwu ahịa obodo ahụ. Nwadiala nke dibịa ga–agbapụta n'afa ga–eji ehi ahụ n'ụdọ gaa ahịa gburugburu ugboro anọ tupu o were ya laghachi azụ n'ụlọ. Ndị nze ga–abọkeri ehi ahụ. Ma ọ bụghị ụbọchị a na–eli ozu ka a na–abọ ehi. E mesịa a ga–akọ akụkọ maka igbu ehi.

Mgbe a na–apụ ahịa ehi, ada nze ahụ ga–eyiri uwe na okpu nna ya, nyarakwa akpa ya na–atụ ọgụgọ na–asi, 'Nnaei! Nnaaei! Okoo m nna mee!' Mgbe ọ na–atụghari ọgụgọ, ndị mmadụ ga na–enye ya ego. Otu aka ahụ diokpara ga–eji mma obejiri n'aka, mara akwa jọọjị n'ukwu na–atụgharịkwa ọgụgọ n'ime ahịa na–eti. 'Ogoo! ogoo! ogoo! okoo m nna mee! ogoo ogoo! ogoo!' Ego ga na–ezo ya ka mmiri n'ahụ. Mmadụ na–arị ibe ya elu n'ahịa ụbọchị ahụ. Ndị ọgọ, ikwu na ibe na ndị enyi ndị si n'Ọru na ndị si n'Igbo na–edupu ndị nwe ozu ahịa. Ihe nkiri dị ka egwu dị iche iche na mmụọ na–abụ onye lekata ọ kpara anya ya n'aka.

## Ili ozu nze

Site Ọlụ wee ruo Ihiala na Ọkịja na obodo gbara ha gburugburu, nze anaghị eji akpati ma ọ bụ igbe ozu ogologo ala mmụọ. A na–arụ igbe kọbọdụ. N'ime ya, ozu ahụ ga–anọrọ ọdụ dị ka onye dị ndụ. Ndị ụmụ nwadiala ga–egwu ala ozu n'ime ụlọ ya, ma ọ bụ ha si n'ezi gwuru ala ozu ahụ gwubaa ya n'ime ụlọ. Nsọ Igbo bụ na mmiri ozuzo agaghị atasa ili nze.

Mgbe e ji eli nze bụ na ndeeri. N'Ọlụ, o nweghị onye ọzọ ga–anọ nso mgbe a na–eli nze na–abụghị ndị nze ibe ya. Ha ga–eji aka ha dọkpuo ozu n'ime ili wee kpochie aja. Ọtụtụ anwansị na–aga oge a na–eli nze. Sọ ndị nze nwere ike ịma ihe na–aga mgbe ahụ.

## Egwu a na–akụ mgbe a na–eli nze

N'akụkụ Igbo nile a na–echi ọzọ, e nwegasịrị egwu dị iche iche a na–akụ mgbe dike na–ala mmụọ. N'ọtụtụ obodo dị n'Ọlu na Oru, mgbe a na–awa ozu nze nkịta anya, mgbe a na–aguba ya ebule n'obi, mgbe a na–adọnye ozu n'ime ili, o nwere egwu a na–akụ nke ụfọdụ obodo na–akpọ ikoro. A na–akpọkwa ya aha dị iche iche dị ka ogidi, abịa, ekwe, ufie. Ndị Ngwa na Mbaise na–akpọ ya ese. Ọ bụghị sọ nanị onye chiri echichi ka ha na–akụrụ ese. Ha na–akụkwara onye ọ bụla kpara ajọ ike mgbe ọ nọ ndụ ese.

Onye nna ya nọ ndụ anaghị agba ya. Onye na–emebeghị ihe ike anaghị agba ya. Nwanyị, a maka ọ si ike na nwanyị, anaghị agba ya. Ọ bụ egwu dike ji ala mmụọ. Onye kwara nna ya ga–agba ya. Ọ bụghị sọ na ọ kwara nna ya, ọ ga–akata ahụ nke ọma. Ọ ga–abụ a kwaa a kwụrụ dị na mmadụ. Ọ ga–abụ onye hụmirile ihe ụwa. Mgbe ọ na–agba ekwe, ọ ga na–egosị site n'imeghari ahụ ụzọ dị iche iche ọ siri kpaa ike. Mgbe a na–akụ ikoro, onye opi ga na–egbu. Onye ekwe ukwu ga na–akụ. Onye abụ ga na–akpọ. Ugbu a egwu abụrụla onye agbaghị agba o kwebe n'isi.

Egwu ndị ọzọ a na–akụ bụ mmesuru ma ọ bụ ịgba na odi. Onye ọ bụla nwere ike ịgba ụzọ egwu abụọ ndị a.

Ụmụ okorọbịa na–eti mmụọ a na–akpọ ayaka na achụkwụ. Ha na–akpa ike nke ukwuu. Ha na–agba aka arị elu nkwụ were ụkwụ na aka kpajisie igu nkwụ. Ha na–eme anwansị dị iche iche.

N'oge a na–agba ọkwụkwụ, ụmụ okorobịa na–agụ uri egbe dị ka nke a:

A nnye nnye a nnye
A nnye nnye a nnye
E liwe oke ehi a nnye
E liwe mbuba a nnye
Oke ehi tibiri a nnye
Oke mbuba na–achụ ya a nnye.

Mgbe a na–agba ọkwụkwụ, ụmụ ọkorobịa na–egbu mbem. Ya bụ ha na–emebi ọtụtụ akụmakụ dị ebe a na–akwa nze. Ebe a kwara nze, ebelebe na–egbu. Ala anaghị afọ. A bịaruo nga ahụ a ga–ama na dike siri n'ezi ahụ pụọ. Ma mgbe a na–eme ihe nile ndị a, ọgwụ oruma a gwọrọ tupu ihe ọ bụla ebido ga–eme ka onye ọ bụla nọ ebe ahụ ghara inwe mmerụ ahụ. Mgbe a na–egbu mbem a na–agụ egwu dị ka:

Anyị dị ize . . . *Ize*
Anyị dị ize . . . *Ize*
Anyị dị egwu . . . *Ize*
Anyị dị ize . . . *Ize*
Obodo nwewe ụwa . . . *Ize*
Anyị ahịa ha ọnụ . . . *Ize*
Mba ụkwu nwewe ụwa . . . *Ize*
Anyị ahịa ha ọnụ . . . *Ize*
Anya agụ na–atụ egwu . . . *Ize*
Obodo kpawa ike . . . *Ize*
Anyị ebee ha isi . . . *Ize*

Mgbe a na–eli nze, a na–agba egbe mkpọnala na egbenduru nke ndị Igbo ụfọdụ na–akpọ kurutu. Mgbe egbe na–ada kim, kim, kitim, kitim, ọ na–egosị mgbe nze na–ala mmụọ.

## Ihe a na–eme mgbe a na–egbu ehi

E lisịa ozu, n'echi ya ka a na–egbu ehi. A na–akụ ikoro, na–egbu opi, ndị mkpụkpọ na–eti. N'akụkụ Ọlụ ọ bụ diọkpara na–ahụnye ehi mma n'olu. N'Ụbụlụ Ihejiọfọ ọ

bụ onye isi nwadiala na–ahụnye ehi mma n'olu. N'Agụata, ọ bụ onye isi nze ga–emetụ mma n'ahụ ehi ahụ tupu otu okorọbịa si n'ezi onye ahụ a na–akwa egbuzie ya. Ndị nze nwe anụ ehi ahụ. Onye nwe ozu ga–ewere isi ya, akpụkpọ ya na ihe nile dị n'ime afọ ya. Ndị ụmụ ehi ya bụ ụmụ ada nna ha jiri ehi la mmụọ ga–anọ ụlọ ọnwụ ụbọchị asaa na–eri na–añụ. Abalị nile ha ga na–agụ egwu na–eme ụzụ na–agaghari n'ogbe ịna ụmụnna ha ego na ihe onyinye dị iche iche. E mesịa diọkpara ga–akwụba okpokoro isi ehi ahụ n'obi nna ya. Ebe ahụ ka ọ ga–adịgide. Ekwe ukwu ndị nze ga–adọ n'obi onye nze ahụ izu asaa. Diọkpara ya ga na–akụ ya ugboro atọ n'ụbọchị – n'isi ụtụtụ, n'etiti ehihie na n'ime abalị. Ọ ga–akụgide ekwe a wee ruo mgbe o mesịrị ọkwụkwụ nna ya.

## Ịtụ uli

Mgbe a na–elibeghị nze, ndị ikwu na ibe, ndị nze, ndị ọgọ, ndị enyi na ndị nile ha na onye nwụrụ anwụ mekọrọ ihe mgbe ọ nọ ndụ, ụmụnna na ụmụnne ga–eji ma ehi, ewu, ọkụkọ, akwa na ego wee tụọ onye nwụrụ anwụ uli. Onye na–atụ uli na–eweta ihe dị ka aka ha ya. Ma onye ọ bụla lụrụ nwa nze ahụ ga–ejiriri ewu buru ibu ma ọ bụ ehi, maba ya akwa jọọjị n'ukwu. Mgbe ndị ọgọ na–abịa ịtụ uli hâ na ndị ụmụnna ha ga na–ekwe úriegbè, na–eme mkpọtụ igosị ndị mmadụ na ha na–abịa. Ụfọdụ na–akpọ ya ịlọ odike.

Mgbe onye na–atụ uli ruru ebe ozu dọrọ, ndị nwe ozu ga–anọ ebe ahụ ka ha nụ ihe onye na–atụ uli ga–ekwu tụmadụ mmekọrịta onye ahụ na onye nwụrụ anwụ mgbe ọ nọ ndụ. Ọ bụrụ onye ji onye nwụrụ anwụ ụgwọ, ma ọ bụ o nwere ihe ọ bụla jikọtara ya na onye ahụ, onye na–atụ uli aghaghị ikwupụta ya mgbe ọ na–atụ uli. Mgbe ahụ onye ahụ na–atụ uli ga–ekwu na nkwubi okwu ya sị, 'Ọkụkọ tuhie, olu rọọ ya.'

Mgbe ụfọdụ, onye tụrụ uli nwere ike gbuo ewu ma ọ

bụ ọkụkọ o jiri tụọ uli n'ihu ozu ebe ahụ buru ya laa. Ma ọtụtụ oge, ndị nwe ozu na–ewere ihe e jiri tụ uli. Mgbe mmadụ tụrụ onye nwụrụ anwụ uli, ọ gbụrụla mgbụ igosị na ya emetaghị ihe gburu onye ahụ. Ọ na–egosịkwa na onye dị ndụ ekewapụla onwe ya n'ebe onye nwụrụ anwụ nọ. Ha enwekwaghị mmekọrịta ọzọ. Onye na–atụ uli ga–asị mgbe ọ na–atụ uli, 'Gabọrọ. Agabọrọla m. Ị gawa agawa, lawa alawa, a kpọkwala m. Sowe onye metara ihe gburu gị. Ọkụkọ tụhie, olu rọọ ya'.

Ọ bụrụ na o nwere ihe ego ya na onye nwụrụ anwụ mekọrọ mgbe ọ nọ ndụ, ọ ga–ekwupụta ya mgbe ọ na–atụ uli. Ndị Igbo kwetara na mmadụ ọ bụla apụghị ịtụ asị mgbe ọ na–atụ uli. Ha nwere nkwenye na mmadụ tụgide onye nwụrụ anwụ asị mgbe ọ na–atụ uli, onye ahụ gba ọnwụ ya n'aka ka ọla.

## Iru uju ma ọ bụ ịgba mkpe onye nze

Site ụbọchị onye nze nwụrụ wee ruo izu asaa, nwunye ya ga–anọ ọnọdụ uju ndị akụkụ Ọlụ na–akpọ ịnọ n'ekwe mbịrịba. Ekwe mbịrịba bụ ogugu ngwọ a kpara akpa. Ya ka nwanyị a ga–eji nọdụ ọdụ. N'elu ya ka ọ ga na–edina ruo ọgwụgwụ izu asaa. Ọ ga–akpa obere mma ekwu n'aka. Ọ nweghị onye ọ bụla ọ ga–ekele ekele ma ọ bụ kwere ekele. Mpekele eju ka a ga na–eji etinyere ya nri. O nweghị ihe ọ bụla e ji akwa di ya ọ ga–eri. Ọ ga–adọsasị isi ya, yiri nkịrịka uwe. Ọ ga na–ebe di ya akwa ụzọ ụtụtụ ọ bụla. N'oge gboo, ọ gaghị asa ahụ wee ruo ngwụsị izu asaa ahụ ma ọ dịkwaghị otu ahụ ugbu a.

Mgbe izu zuoro ya asaa, ndị ụmụada ga–abịa kpụọ ya isi. Mgbe ahụ ka o ga–esi n'ekwe mbịrịba pụta. Ọ ga–ebido ugbu a yibe uwe uju ojii na–aga ebe o masịrị ya dị ka ahịa, ubi, nzukọ ndị nwunyedi na ebe ọ bụla ga–eme ka ọ pụọ apụọ. Ndị Abịrịba, Ọhafịa na Oduma dị n'akụkụ Ọgwụ anaghị eyi uwe uju ọ bụla. Kama nwanyị dị ya nwụrụ na–akpụchapụ isi ya. Ma n'Ọlụ, na ebe ọzọ kwa nwanyị isi mkpe agaghị akpụ isi ya ọzọ wee ruo otu

afọ. Ụmụ onye nze a na ụmụnne ya ga–akpụrụ ya isi mgbe ahụ ọ nwụrụ ma yirikwa uwe uju wee ruo otu afọ.

Na ngwụsị otu afọ, ndị ezi na ụlọ nze a ga–atọ uwe uju ma ọ bụ uwe mkpe dị ka ụfọdụ na–akpọ ya. N'abali foro ụbọchị ahụ, ndị ụmụada na ndị nwunyedi ga–eduru nwunye onye nze ahụ na ndeeri jee n'ajọ ọhịa. Ebe ahụ ka ọ ga–anọ yiri ezigbo uwe tupu ha ebido lọtawa ụlọ. Ndị ọzọ nọrọ n'uju ga–akpọ uwe ha ọkụ n'ụlọ. Mgbe e mesịrị nke a, ndị mmadụ ga–enwe nnukwu oriri maka nnapụta n'aka oge ọnwụnwa nile a. Onye ọ masịrị n'obi nwere ike inye nwanyị a pụtara n'uju onyinye. Ọtụtụ ka ọ na–amasị ime otu a iji tie onye ahụ aka n'ọbi.

# 14. EKELE NA NSỌPỤRỤ N'ALA IGBO

Ndị Igbo bụ ndị nwere obi ọma n'ebe mmadụ ibe ha nọ. Ha na–egosị nke a site n'ikele ibe ha ekele. Ekele bụ otu n'ime ụzọ ha ji egosị ihu ọcha, mmasị na ịnabata mmadụ. Ọ bụrụ na mmadụ efee ma ọ bụ wọọ ibe ya ekele ọ na–egosị na o nwere ihe o bu n'obi n'ebe onye nke ọzọ dị. Nke pụtara na ha na–ejikwa ya amata onye ya na mmadụ nọ n'iro site n'ekwekọrịtaghị ekele.

Ndị Igbo nwere ekele dị iche iche ha na–ekwe n'oge dịkwa iche iche. Otu aka ahụ kwa e nwekwara olu ekele dị iche iche dị ka ọkwa mba si ebe n'olu n'olu.

## Ekele dị iche iche

### Ekele ụtụtụ.

Ndị Igbo sịrị na ekele ụtụtụ amaghị onye iwe ji. Nke a gosịrị na ekele ụtụtụ dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo. Ọ bụrụ na mmadụ na ibe ya akpọrịta onwe ha ihu n'ụtụtụ otu onye n'ime ha ga–agba mbọ kelee onye nke ọzọ ka ha kwekọrịta ekele. Ọtụtụ oge ọ na–abụ onye nke nta na–ebu ụzọ kelee onye ka ya okenye buru. N'oge ụfọdụkwa ọ na–abụ onye nke buru ụzọ hụ ibe ya. Ọ bụrụ na mmadụ apụta ụra kelee ibe ya ma ọ zaghachighị ya ekele ma ọ bụ kelee ya n'ime ọnụ, iwe ga–ewe onye ahụ n'ihi na ọ na–abụ ịkpọ mmadụ ihu ọjọọ n'ụtụtụ.

N'ezi na ụlọ ọ bụ ọrụ nwanyị ikele di ya mgbe o tetara ụra. Ma ọ bụ ọrụ dịịrị ụmụaka ikele nne na nna ha na ndị okenye ha. N'ebe dị ka Owere ihe ha na–ekele n'ụtụtụ bụ 'ị bọọla chị', Mbaise na–ekele 'i teela'. Ndị Ngwa na–ekwe 'ị bọọla chi' ma ọ bu 'Mazzị'; ndị Ndọkị na Asa na–

ekele 'i saala chị'; Abịrịba na Ọhafịa na–ekele 'kaà'. Afikpo na–ekele 'nna'. Ndị akụkụ Ọnịcha na–ekele 'ị pụtala (pụtago) ụla'. Onye e kelere otu a ga–azaghachi ihe e kelere ya dị ka 'abọọla m chi, ị bọkwara nke gị. Nke a mere ndị Igbo ji asị na ekele bụ alụlọ ụwa, onye lọọrọ ibe ya ọ lọghachiri ya. Otu a kwa ka mmadụ ji ekele onye ọbịa ya ma ọ bụ onye ọzọ na–abụghị onye ezi na ụlọ ya ọ kpọrọ ihu ụtụtụ.

## Ekele n'ụzọ

N'ala Igbo ọ bụ omenala na mmadụ ga–ekele onye o zuru n'ụzọ ọ bụladị na ọ maghị onye ahụ. Ọtụtụ oge ọ bụkwa onye ka nta na–ekele okenye o zuru n'ụzọ. Ọ bụrụ na mmadụ efee ibe ya ekele n'ụzọ ma ọ bụ n'ahịa ọ ga–akpọghachi ya azụ jụọ ya, 'Kedụ mgbe mụ na gị jiri see okwu nke a ?'. Onye ahụ fere ya ekele ga–eme ihe kwesịri ya site n'ikele onye ahụ rịọkwa ka ọ gbaghara ya ma kọwaakwa ihe merenụ. Ọ bụrụ na nwata efee okenye ya ekele okenye ahụ ga–abara ya mba, gwakwa ya na ya ga–agwa nne na nna ya ka ha dụọ ya ọdụ. Ekele ndị a na–ekwe n'ụzọ nwere ike bụrụ 'daalụ, nnọọ, deeje, ị gawala, gaanụ' ma ọ bụ 'lọ ngwa'. Onye ahụ ga–azaghachi ekele. O nwekwara ike jụọ ya otu ụlọ dị.

## Ikele onye meere mmadụ ihe ọma

Ndị mmadụ na–ejikwa ekele ezipụta ihe ọma, omume ọma ma ọ bụ onyinye mmadụ meere ha. Ọ bụrụ na mmadụ enye ibe ya ihe, onye ahụ o nyere ihe ahụ ga–asị ya 'i meela, ndeewo, i meka, mmamma, daalụ' ma ọ bụ 'diike sọọ' ma ọ bụkwa 'a nwụchula' dị ka olu ha siri dị. Nke a dị oke mkpa n'ihi na ndị Igbo kwetara na ọ bụ e memaa onye akịdị ya agwọta ọzọ.

## Ekele ọrụ

Ọrụ ubi bụ ihe e ji mara ndị Igbo. Nke a pụtara na ha kwenyere na ọ bụrụ na aka emeghị aja ọnụ agaghị ara

mmanụ. Ha anaghị ele onye ọ bụla ji aka abụọ fanye n'ụkwụ anya ọma. N'igosị mmasị ha n'ebe onye na–arụ ọrụ dị ha na–ekele ya ekele n'ihi na ọ bụ e kelee onye ọrụ ike ya alọ. Onye hụrụ onye na–arụ ụdị ọrụ ọ bụla ga–ekele ya sị 'jisie ike, daalụ ọlụ, deeme, bịrịma' ma ọ bụ 'diike ọrụ'. Ụfọdụ oge ọ bụrụ na onye ahụ adịghị nso ebe onye na–arụ ọrụ dị o nwere ike feere ya nanị aka iji kelee ya.

## Ekele ọgbọ (ebiri) ma ọ bụ otu

Ndị Igbo nwere ụzọ ha ji akwanyere onwe ha ugwu site n'ime otu ọgbọ ma ọ bụ ịbanye otu. Ndị dị n'ọgbọ ma ọ bụ otu na–enwe ụzọ ha na–eji ekele onwe ha ekele; ụfọdụ nwere ike nweekwa etutu aha a na–etu ha n'otu ha dị ka 'ogbuefi, ogbuagụ, ekwueme, ọnyịrịmba' ma ọ bụ 'dike'. Ụfọdụ otu echichi n'ime ha na–enwekwa ụzọ pụrụ iche ha na–eji anakọrịta onwe ha aka dị ka ndị bụ eze ọkọnkọ, eze ji na ndị chiri ọzọ. Ha na–anakwa aka dị ka otu ọkwa ha siri dị n'otu ha. Ọ bụ nanị ndị dị otu a nwere ike itu ibe ha etutu aha ma ọ bụ kwee n'aka n'ụzọ a pụrụ iche.

## Ibi ọma na ikwe n'aka:

Ndị Igbo bụ ndị na–agba ọgba ekele. Ha na–eme nke a site n'ịjụ ụlọ na ikwu na ibe. Otu ụzọ ha ji ekelekwa ekele bụ site n'ibi ọma. Ọ bụrụ na mmadụ ahụ enyi ya, nwanne ya ma ọ bụ onye ọma ya ọ bụla, o nwere ike kelee ya site n'ibi ya ọma. Ọ na–egosi añụrị ha nwere n'ịhụkọrịta onwe ha. Nke a na–abụkarịsị ndị ọ bụ na ọ teela aka ha ahụbeghị onwe ha. Ọtụtụ oge ọ bụ ụmụ nwanyị na–aka eme nke a. Nwoke na ibe ya na–ebi ọma. Nwanyị na ibe ya na–ebikwa ọma. Nanị nwoke na nwanyị ndị bụ nwanne bụ ndị nwere ike ibi ọma. E nwere ike ibi ọma n'ụzọ, n'ahịa ma ọ bụ n'ụlọ.

Ọ bụrụ na mmadụ na ibe ya a na–ekele ekele ha nwekwara ike kwekọrịta n'aka iji gosị nnabata na añụrị. Ndị Igbo na–akpọ ya ịta ọjị aka. Ọ bụ ndị nwoke na–aka

ekwe n'aka. Nwoke chọrọ ikwe nwanyị n'aka ga–ebu ụzọ wepụta aka ya. Ọ bụkwa okenye chọrọ ka ya na nwata kelee ga–ebu ụzọ wepụta aka ka ha taa ọjị aka.

### Ekele onye na–eje ihe

Ọ bụrụ na mmadụ a na–eje ihe ọ ga–ekele ndị ụlọ ya na ndị agbata obi ya site n'ịsị ya 'ka m gaa ka m lọta, ka m jee, agawala m, ejewego m' ma ọ bụ 'nọọnụ nke ọma'. Onye ahụ o kelere ga–azaghachị ya sị 'jee mma, gaa nke ọma, ije ọma, lọta ngwa', ma ọ bụ 'lọọ gboo', ma ọ bụkwanụ 'eje alọ'.

Ọ bụrụ onye bịara ụlọ mmadụ na–ala ala ọ ga–asị onye ahụ 'ka m laa, alawala m, nọdụ mma', ma ọ bụ 'ka m bịa'. Onye ahụ ga–azaghachi ya, 'gaanụ, laa mma' ma ọ bụ 'ije ọma'.

### Ekele ịlakpu ụra:

Onye bịara ụlọ mmadụ oge abalị na–ala ala ma ọ bụ onye hụrụ ibe ya oge abalị nwere ekele pụrụ iche ọ ga–ekele ya. O nwere ike ịsị ya ka 'a (anyị) bọọ chi, ka chi foo, ụsa'. Onye ahụ ga–azaghachikwa ya ihe o kelere ya.

### Ekele iru uju:

Ndị Igbo bụ ndị hụrụ ibe ha n'anya. Ha na–egosịkwa ya site n'isoro ibe ha eru uju mgbe ihe ọjọọ dị ka mmerụ ahụ, nsogbu ma ọ bụ ọnwụ rutere onye nke ha. Ihe a na–ekele onye ihe dị otu a dabaara bụ 'ndo, gwahụ, jaahụ, kara ọma, tasie, nwe ndidi, kọọ, jisi ike' ma ọ bụ 'jisie obi ike'. Onye ahụ nwere ike zaghachi sị 'ndeewo' ma ọ bụ 'mmama'.

## Nsọpụrụ

Ndị Igbo bụ ndị na–enye ibe ha nsọpụrụ tụmadụ ndị okenye n'ihi na a sịrị na ugwu bụ nkwanye nkwanye, onye fee eze, eze efee ya. Onye sọpụụrụ okenye aghaghị iweta nsọpụrụ ndị nke ọ bụ okenye ha.

## Ụzọ di iche iche e ji enye nsọpụrụ

Nwanyị na–asọpụrụ di ya site n'ibu ụzọ kelee ya n'ụtụtụ. Ọ bụrụdị na ọ mara ụzọ puọ, oge ọ bụla ọ lọtara ọ ga–aga n'obi di ya kelee ya. Ụmụaka na–asọpụrụ nne na nna ha, ndị okenye ha nile site n'ikele ha. Onye ọ bụla na–asọpụrụ okenye ya site n'iburu ụzọ kelee ya.

Nwanyị ma ọ bụ nwata na–asọpụrụ nna nwe ụlọ site n'inye ya ihe dị ka mkpụrụ mbụ si n'ihe ha kụrụ dị ka unere, ọjị ma ọ bụ ube. Ọ bụrụkwa na ha egbuo anụ n'ọhịa ha ga–ebu ụzọ gosị ya. Ọ bụkwa ya ma ọ bụ onye kacha okenye n'ezi na ụlọ ka a na–enye umeji anụ, obi anụ na ihe ihu ndị ọzọ dị n'anụ ha gburu.

N'ebe ụfọdụ nwanyị na–agara nna nwe ezi na ụlọ ọrụ orie. Nke a bụ ụbọchị a na–ewepụta iji ejere ya ọrụ orie. Nke a bụ ụbọchị a na–ewepụta iji ejere ya ọrụ n'ubi ya. Onye ọ bụla ga–enyekwa nna ya ma ọ bụ okenye ya mmanya nile ngwọ ya gbatara n'ụbọchị orie. A na–akpọ ya ịwụnye ngwọ orie.

Nwata anaghị ebu okenye ya ụzọ chiri oke n'ezi na ụlọ ma ọ bụ n'amaala. Nwata na–asọpụrụ okenye ya site n'ịkpọ ya dede, ndaa ma ọ bụ dee ma ya bụrụ nwoke. Ọ bụrụ nwanyị o nwere ike ịkpo ya daa, danne ma ọ bụ ndaa. Ọ bụrụ na ọ chọọ ịkpọ ya aha ọ ga–eji ugwu na nsọpụrụ dị ka ịkpọ onye ahụ De Njoku. Nwata anaghị agọ okenye ya mmụọ ma ọ bụ tụgharịa ọnụ mgbe okenye na–atụ ya mmụọ, mgbe ọ na–abara ya mba ma ọ bụ mgbe ọ na–adụ ya ọdụ. Mmadụ anaghị etinye ọnụ n'okwu n'ọgbakọ ndị okenye ma ọ bụ n'ọgbakọ ndị chiri echichi. Mmadụ anaghị asị okenye ya ma ọ bụ ibe ya mechie ọnụ ka ya kwuo okwu n'amala. N'ebe okenye na ndị chiri ọzọ na–awa ọjị ọ bụ okenye ma ọ bụ onye ọzọ na–awa ọjị. N'ebe ụfọdụkwanụ ọ bụ okenye na–enye nwata ikike tupu ya awaa ọjị. Nwanyị anaghị ebunye ọbịa ọjị ebe di ya ma ọ bụ nwoke ọzọ metụtara di ya nọ. Nwanyị anaghị awa ọjị ebe nwoke nọ. Nwanyị anaghị anọ ma ọ bụ were otu aka ñụọ mmanya. Nwata anaghị e ji otu aka ma ọ bụ

aka ekpe ñụọ mmanya ebe okenye ya nọ. N'ezi na ụlọ nwoke lụrụ ọtụtụ nwunye ha na–achị oke n'usoro e jiri lụọ ha. Nwanyị nọrọ n'oche nwoke bata n'ụlọ ọ ga–ekuli nye ya oche. A na–asọpụkwara nwanyị site n'ịhapụ ịgafe ebe ọ na–asa ahụ na ebe ọ na–anyụ mmamịrị.

N'ezi na ụlọ a na–enye ọkpara na ada nsọpụrụ pụrụ iche site n'inye ọkpara isi anụ ọ bụla e gburu n'ụlọ ha. Ada ka a na–enye aba ya. Mmadụ anaghị eji aka ekpe enye ibe ya ihe ọ bụladị na ọ bụ okenye, nanị ma ọ sị ya asọla aka.

Ndị Igbo na–asọpụkwara agbara, mmụọ na chi dị iche iche site n'ịchụ aja, ofufe na mmemme dị iche iche. Ha na–asọpụkwara ndịchie ha site n'ịchụ aja na ịkwa ha.

Ọnọdụ ndị Igbo nyere ekele na nsọpụrụ na ndụ ha eriela mpe n'oge ugbu a. Ịwa anya oge ugbu a emeela ndị mmadụ anaghị ekelecha ibe ha otu o kwesịrị. Ọ na–anyịzị ndị mmadụ ọ bụladị ụmụaka arụ n'ọnụ ikele okenye ha. Nke a jọrọ njọ. Ndị Igbo ahapụla iji okwu ha ekele ekele kama ha na–ejizi okwu bekee. Nke a ka njọ na ndị mụrụ akwụkwọ. Ma e gbochighị nke a iji okwu Igbo ekele ekele ga–abụ ihe akụkọ n'ọdịnihu. Ụmụ nwanyị ugbu a anaghị ekwekwa ịkwanyere di ha ugwu mgbe ha na–añụ mmanya. Nke ka dị njọ bụ na ọtụtụ n'ime ha na–ejizi aka ekpe añụ mmanya. Ha ga–ejisie ike dote ugwu na nsọpụrụ a.

# 15. OKWUKWE MA Ọ BỤ NKWENYE GBARA GHARỊỊ NKE NDỊ IGBO

## Okwu mmalite

Site n'akọmakọ na agụmagụ obodo dị iche iche n'akụkụ ụwa dum nwere, a chọpụtara na mba ọ bụla nwere okwukwe gbara gharịị na be ha. A bịa n'ala Igbo bụ ebe a ga–eleba anya, ọ bụ aja dị n'ala. O nwere ndị zuru Oru na Igbo ọnụ. Ọ bụ ezie na nkọwa ha na olu e jiri kpọ ha nwere ike ịdịtụ iche. Ọ na–ewechi ndị okenye ntị ma ha hụ ka ndị mmadụ jiri n'ihi mmụta dị omimi na–akọwa na ụmụ nkwenye ndị a adịghị ire. Anyị ga–echeta na oge gboo, na ụdị arụmarụ ụka a adịghịị. Ma nke a apụtaghị na nkwenye ndị a dum nwesịrị ihe mgbagwoju anya. Nkwenye ndị a bụ ọkpụtọrọkpụ. A pụta ụwa nụwa maka ha. Ọ bụ egwu mere ụfọdụ n'ime ha jiri dịruo taa. N'ebe a na–agọsi mmụọ ike, ọtụtụ n'ime ha dị ire tụmadụ ndị gbasara ụmụ agbala. Ndị Hindu n'akụkụ India kwenyere na mmiri Ganges nwere ike pụrụ iche. Ha anaghị egbu ehi. Ndị Alakụba anaghị eri anụ ezi ma ọ bụ nkịta. Ndị Bolobo n'akụkụ Zaire kwenyere n'amosu na ike o nwere ike ịkpa na ndụ mmadụ. Ndị ụka ụfọdụ anaghị eri anụ n'oge ụfọdụ na ndụ ofufe ha. A tụsịwa ajị dị n'akwa onye ma ya agbara ọtọ. Ọ bụ nanị akụkụ ole na ole n'ala Igbo ka e nwere ike gazuo wee jụtasịa ụmụ ihe ụfọdụ.

A ga–amalite site na ndị e nwetara n'akụkụ Ọlu, Agụata na Owere na obodo ndị dị ha gburugburu.

### Nkịta ịkwa akwa

Nkịta hapụ ịgbọ ụja kwawa akwa, mmadụ aghaghị ịnwụ n'ezi na ụlọ ụdị ihe a mere.

**Iti akị n'ala**

Onye tie akị n'ala nkịtị taa, ọ kpọọla ọnwụ nne ya oku.

**Udu mmanya ịwa n'ụzọ**

E buru mmanya na–eje okwu dị mkpa, ọ pụta n'ụzọ daa waa, ihe na–atụnye ya ọnụ bụ ichigha azụ.

**Añụ ifegharị mmadụ n'isi**

Nke a na–egosị na ndị ọbịa bu mmanya abịa na be onye dị otu a. Ma ọ bụ na ote mmanya echetala ya ụbọchị ya.

**Onye añụ hụrụ na be ya**

Nke a pụtara na ndị mmadụ ga–agbakọwa na be ya na ntụmadị.

**Onye ihe toro n'anya**

A na–asị na onye ahụ anaghị ekwe enyetụ mmadụ ihe ya.

**Nwata ịnọdụ ala na nkume**

Ọ gaghị eto uto karịa otu a toro tupu nke a emee.

**Ịpịa mmadụ azịza, eriri na ihe yiri ha**

Nkwenye bụ na onye a pịara ihe ga–adị nzanza dị ka ihe a jiri pịa ya ihe. N'ọtụtụ na–asi sọọrọ m ọnụ azịza n'ala iji gbochie ụdị ọdachi a.

**Osisi e jiri tụọ ili ozu**

Ọ bụrụ na a hapụ itinye osisi a n'ili ma ọ bụ wunye eriri e jiri dọnye igbe ozu n'ili, nsogbu na–adịgidere ndị mmadụ tutuu e mee nke a.

**Ejima**

E mee ejima nta ka e mere ejima ukwu nsogbu agaghị adị. Ma e webata imegbu otu n'ime ha, nke ọzọ na–ewe iwe, ụfọdụ oge ọ na–agbabiri nwụọ.

**Ịkwa onye nwụrụ anwụ**

Ma a kwaghị onye nwụrụ anwụ n'usoro kwesịrị ekwesị, ndị nke ya anaghị enwe ezumike. Ha na–esi n'ala mmụọ na–ehie ụgwọ ha.

**Ụmụ anụmanụ ụfọdụ mmụọ nwe**

E gbuo ụmụ anụ ndị e kwenyere na ọ bụ mmụọ nwe ha, ihe ọ na–apụta bụ na onye mere nke a na–echere mmụọ ahụ aka mgba.

**Anụ na–akpa n'abalị ịkpa n'ehihie**

Mgbe ọ bụla anụ na–akpa n'abalị tikapụtara n'ehihie, a na–atụ anya na ihe ịtụnanya aghaghị ime. Ụfọdụ anaghị enwe ike eme anụ ndị a ihe ọ bụla.

## N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo e nwere nkwenye ndị a, gbara gharịị

**Mmadụ ịlọ ụwa**

Ọ bụ nkwenye ndị Igbo na onye nwụrụ anwụ na–alọghachi n'ụwa. Ha na–alọghachi n'ụdị ụmụaka a mụrụ ọhụrụ. Ọ bụ site n'omume mmadụ ka e si amata onye lọọrọ ya ụwa.

**Mmadụ ịgba ụmụnadị**

Ụmụnadị bụ mmụọ ọjọọ na–enye ndị mmadụ dị ndụ nsogbu. Ha na–ewetara ndị mmadụ mmekpa ahụ n'oge ọ bụla. Mgbe mmadụ gburu ibe ya n'ụzọ ezighị ezi dị ka nkụgbu ma ọ bụ inye nsi, onye ahụ nwụrụ anwụ nwere ike ịgba ụmụnadị iji megwara ihe a mere ya n'ụzọ ezighị ezi.

**Ịkpọ ihu ụtụtụ**

Ndị Igbo kwenyere na o nwere ụdị mmadụ ma ọ bụ anụ ọhịa ga–abụ ha kpọọ mmadụ ihu ụtụtụ, ụbọchị ahụ adịrị onye ahụ mma ma ọ bụ jọọrọ ya njọ.

**Ịñụ iyi**

Ịñụ iyi bụ nkwenye zuru Igbo ọnụ. Ha kwenyere na iyi dị ire. Ọ bụ mgbe mmadụ na–achọ ịgọpụ n'ihe a sị na ọ bụ ya mere ka a na–ebunye ya iyi ka ọ ñụọ. A na–ele anya na ọ bụrụ ya mere ihe ahụ, na iyi ahụ ga–egbu ya.

**Ụkwụ ịkpọ mmadụ n'ụzọ**

Ụkwụ ịkpọ mmadụ n'ụzọ nwere ike bụrụ na ije onye ahụ ga–adị mma ma ọ bụ jọọ njọ. Ụkwụ aka nri ịkpọ mmadụ na–egosị ihe ọma, ma nke aka ekpe ịkpọ mmadụ na–egosị ihe ọjọọ.

**Nnụnụ obe fịọ fịọ** okwa or obu

E nwetara aha nnụnụ a site n'otu o si ebe. Ọ naghị apụta mgbe dum ka nnụnụ ndị ọzọ. Mgbe ọ bụla o bere akwa, ndị mmadụ na–ekwenye na ihe ọjọọ ga–eme n'ogbe ahụ

na mgbe eteghị aka. Ọtụtụ oge ọ na–abụkarị ọnwụ mmadụ.

**Mmadụ ize uzere**

Mmadụ ize uzere na–egosị na o nwere onye nọ ebe ọzọ na–ehote onye ahụ nhote ọma. Onye nọ na njem zee uzere, ọ na–asị na ọ bụ otu n'ime ndị ezi na ụlọ ya na–ehote ya.

**Amụma mmiri**

Ndị Igbo kwenyere na amụma mmiri na–eme ka ndị mmadụ mata na egbe eluigwe ga–agba. Ha kwenye-kwara na ọ bụrụ na egbe elu igwe achọọ ịgba, ndị mmadụ were ọnụ ha mee 'kpam kpam kpam' na o nweghị ihe ga–eme ha. Okwukwe ha bụkwasị na egbe eluigwe na–agbakarị n'ebe e debere ihe ọjọọ dị ka n'ebe e liri ọgwụ n'ala, n'ukwu osisi ma ọ bụ n'ime ụlọ. Egbe eluigwe nwere ike ịbịa họrọ onye ọjọọ n'etiti ndị mmadụ gbuo ma hapụ ndị ọzọ.

**Ọkụ ichake n'ahụ ite e siwere n'ọkụ**

N'ọtụtụ ebe ndị mmadụ kwenyere na ọ bụrụ na ọkụ achakewe n'ahụ ite e sikwasịrị n'ọkụ, a mara na nkwụ onye nwe ezi na ụlọ ahụ achaala.

**Ịchụ na ịdọ mmiri ozuzo**

Ịchụ mmiri na ịdọ mmiri ozuzo bụ nkwenye ndị Igbo. Ọ bụghị mmadụ dum pụrụ ime nke a. A na–adọ mmiri ma ọ bụ na–achụ mmiri ma ọ dị na mkpa. Ọtụtụ oge ndị na–adọ mmiri na–eji ya emegide mmadụ ibe ha.

**Ịkọ nsi na ịgwọ ọgwụ**

Ndị Igbo kwenyere n'ịkọ nsị na ịgwọ ọgwụ. Ọ bụ ndị dibịa nwere ike ịgwọ nsi na ọgwụ. Nsi dị iche na iche. O nwere nke e ji eme mmadụ isi mgbaka ma ọ bụ mee mmadụ ka ọ daa n'oke ọrịa. E nwere nsi nwee ajụ ya. Nke a mere na a na–eti mmanwụ, ndị dibịa na–ajụ sị 'ka a sịrị si akọla nsi, a sịrị sị efela ajụ?'

**Osu**

Ndị akụkụ Igbo ụfọdụ kwenyere n'ihe a na–akpọ osu. Osu bụ onye a gọọrọ mmụọ. Ọ bụ nkwenye ndị obodo na

onye mere onye osu ihe ọjọọ, na–eme ya mmụọ ma ọ bụ alụsị a gọọrọ ya. Mmụọ ahụ aghaghị imesi onye ahụ ike.

**Ewi**

Ọ bụ nkwenye ndị Nnewi na Ụmụọmụmụ Mbieri na onye ala ha rie ewi na ọ ghaghị iwetara onye ahụ oke mmekpa ahụ. Ha kwenyere na ọ bụ n'aka anụ a bụ ewi ka ha si e nwe nzọpụta n'aka ndị iro.

**Ịkpọ agwọ aha n'abalị**

Ọ bụ nkwenye ọtụtụ ala Igbo na ọ bụrụ na mmadụ akpọọ agwọ aha n'abali, na ọ ghaghị ịpụta. Nke a kpatara na ihe a na–akpọ agwọ n'abalị bụ ihe ogologo, ma ọ bụ eriri ala.

**Iku anya ịdọ mmadụ**

Ọ bụrụ na iku anya adọọ mmadụ, n'ime ụzọ ihe abụọ a, otu ga–emeriri. Ọ bụghị na onye ahụ nwere ihe ọ ga–elele, ọ bụrụ na mmadụ ga–anwụ, nke ga–eme ka onye ahụ bee akwa.

**Ịza otu olu oku**

Mmadụ anaghị aza otu olu oku n'ihi na o nwere ike bụrụ oku ndị mmụọ. Tupu mmadụ azaa oku a ga–akpọzu ya ugboro abụọ ma ọ bụ atọ.

**Nwanyị dị ime ilele mmanwụ**

A naghị ekwe ka nwanyị dị ime lelee mmanwụ n'ihi na e nwere nkwenye na nke a mee, nwanyị ahụ nwere ike ịmụ nwa ihu ya yiri ihu mmanwụ ahụ.

**Ịkpọ ihu ahịa**

O nwere onye na–enwe ihu ọma n'ahịa ma nwekwaa onye na–enwe ajọ ihu n'ahịa. Ọ bụrụ na onye ihu ọma agbaa mmadụ aka ahịa, e kwenyere na onye ahụ ga–ereta ọtụtụ ego ụbọchị ahụ. Ọ bụrụ onye ihu ọjọọ gbara mmadụ aka ahịa, ị mara na e leghị anya onye ahụ eburukwa ngwa ahịa ya ka o si bịa wee laa. Ya ka ọtụtụ ji erepụ ihe mbụ ihe e kwere ha ka ha gbaa aka ahịa kpọọ ihu ahịa.

**Ọgbanje**

O nwere ndị bụ ọgbanje. Ọ bụrụ na a bọghị iyi ụwa onye ọgbanje, ị mara na ọ ga–anwụriri.

Nkwenye gbara gharịị ndị a dị ọtụtụ ebe n'ala Igbo ma ha kasị dị ire n'ebe dị ka mpaghara Udi, Owere, Nsụka na Ọgwụ. Okwukwe ndị a bụ:

**Nwatakịrị ibu ụzọ puo eze elu**

Ndị mmadụ kwenyere na ọ bụrụ na nwata ọ bụla eburu ụzọ puo eze elu kama ipu nke ala na mbụ, nke pụtara na nwa ahụ bu njọ pụta ụwa. Ọ bụrụ na o nwere ụmụaka ndị ọzọ a mụrụ n'ezi na ụlọ tupu a mụọ nke ahụ puru eze elu, ndị ahụ ga–anwụ iji mee nke puru eze elu ka ọ bụrụ okenye n'ezi na ụlọ.

**Eze esu ma ọ bu arịrị ọkụ ịbata na be mmadụ**

Ọ bụrụ na eze esu abata na be mmadụ, ndị Igbo ụfọdụ nwere okwukwe na ọ bụ ngosị ihe nsogbu ga–apụta. Onye esu ahụ batara be ya ga–enwe onye metụtara ya ga–anwụ n'ọdịnihu.

**Udele ibekwasị n'elu ụlọ be mmadụ**

Ọ bụrụ na o nweghị oriri dị ma ọ bụ anụ e gburu n'ezi na ụlọ ma udele wee bata bere n'elu ụlọ, o gosịrị ozi ndị mmụọ igosị ezi na ụlọ ahụ na otu onye n'ime ha ga–anwụ.

**Ọnwa ịpụta nwee ngbugo**

Mgbe ọ bụla ọnwa ọhụụ pụtara n'igwe ghara ịkwụ ekeresi, a na–akpọ ya ajọ ọnwa. Ndị Igbo kwenyere na nsogbu na arụ ọnwụnwụ ga–adị. E kwenyekwara na o nwere ike bụrụ na onye a maara aha ya ga–anwụ n'obodo tupu ọnwa ahụ alaa.

**Ọkụkọ ịbụ sọọsọ otu nwa**

Ọ bụrụ ọkụkọ bụrụ sọọsọ otu nwa ọkụkọ n'ime akwa nile o yiri, a na–ewere ya na ọkụkọ ahụ kpara arụ. Nwanyị ka na–atụ ime agaghị eri anụ ọkụkọ a n'ihi na e kwenyere na nwanyị dị otu a rie ya na ọ gaghị atụ ime ọzọ.

**Oke ọkpa (oke ọkụkọ) ịkwa akwa na ndeeri**

Ọ bụrụ na oke ọkpa akwaa akwa na ndeeri, e weere ya na o mere arụ – nsọ ala. E kwenyere na ọkụkọ ahụ na–ewetara ezi na ụlọ ahụ nwe ya oke ehi. N'ihi ya a ga–egbu ọkụkọ ahụ nke ọ bụ okenye ndị nwoke nanị ha ga–eri ya

na–anọghị n'ụlọ ebe ụmụaka bi wee sie ya.

**Ihi ma ọ bụ ishi anụ**

Ndị Igbo kwenyere na mmadụ na–ehi anụ ọhịa mgbe onye ahụ dị ndụ. Dị ka nkwenye nke a siri dị, e kwenyere na ọ bụ okenye nwere agba na–ehi anu. Ọ bụrụ na e gbuo anụ onye ahụ hiri, tụmadị ma ọ bụrụ okenye kataworo ahụ, okenye ahụ ga–anwụ. Ọ bụ nke a mere na ebe ụfọdụ ọ bụrụ na o nwere otu otu anụ ọhịa siri gbabata n'ezi be mmadụ, a dịghị eji ọsọ egbu anụ ahụ n'ihi na a maghị ma o nwere okenye na–aya ahụ nke ga–anwụ ma e gbuo anụ ahụ.

**Ndị mmụọ**

Ndị Igbo nwere ọtụtụ nkwenye dị iche iche na ndị mmụọ. Ha kwenyere na e nwere mmụọ ọma na mmụọ ọjọ. Na mmụọ ọma ka ha kwenyere na ọ na–enyere mmadụ aka inweta chi ọma n'ụwa. N'ebe mmụọ ọjọọ nọ, ndị Igbo kwenyere na ụdị mmụọ ndị a bụ ihe na–ewetara ndị mmadụ oke chi, isi ike na nsogbu mberede dị iche iche ma ọ bụ mmekpa ahụ dịgasị n'ụwa. Ndị Igbo kwetara na mmụọ ndị a dị mma bụ nke si n'aka awụwa na okike bụ nke ike nile si na ya abịara mmadụ.

**Nnodowe nso nke ndị nwụrụ onwụ**

Ndị Igbo kwenyere na ndị nwụrụ anwụ na–anọ nso n'ezi na ụlọ ebe ha bibu na mbụ tụmadị nne ma ọ bụ nna. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọtụtụ ndị Igbo na–eji enwe ebe ha na–enye ndị ha nwụrụ anwụ nri n'ezi na ụlọ. Ụfọdụ na–eji n'ihi ya eli ndị ha nwụrụ anwụ n'ezi na ụlọ ha ka ha na ndị dị otu a na–enwekọrịtakwa mmeko na ka ha chebe ha.

**Eke na egwurugwu**

Ndị Igbo kwenyere nkwenye dị iche iche maka eke na egwurugwu. Otu bụ na ọ bụrụ na eke na egwurugwu apụta, ọ bụ ihe gosịrị na onye nze ma ọ bụ okenye katara ahụ ga–anwụ. Nke a pụtakarịsịrị ihe ma ọ bụrụ na ọ dịghị mmiri ruru na–achọ izo ma bụrụkwa n'etiti ehihie.

**Kpakpando na–efeghari**

Ọ bụghị sò ihe ọjọọ na–apụta n'ime ihe ụfọdụ na–eme

n'igwe ma ọ bụ n'ụwa. Ọ bụrụ na mmadụ hụrụ kpakpando ka o si otu ebe wee fega ebe ọzọ, nke a bụ iru ọma ka onye ahụ hụrụ ya nwere. Dị ka nkwenye e nwere na nke a si dị, ugboro ole onye nwere ike gụọ ọnuọgụgụ bụ afọ ole onye ahụ ga–atụkwasị afọ chi ya sịrị na ọ ga–anọ ndụ.

**Asọ mmiri ịgụpụnahụ mmadụ**

Ọ bụrụ na mmadụ nọkatara asọ mmiri gụpụ ya n'ọnụ tụmadị mgbe onye ahụ chọrọ ikwu okwu, ndị Igbo kwenyere na onye o mere otu a ga–ata anụ n'ime ụbọchị ole na ole so ụbọchị ahụ

**Nwanyị dị ime ñefe ijere ma ọ bụ eruru**

Ndị Igbo n'ọtụtụ ebe nwere nkwenye na nwanyị dị ime ñefie ijere ma ọ bụ eruru, mgbe ọ mụọrọ nwa ya, nwa ahụ ga–enwe akụkụ isi ya ebe ọ gaghị epu ntutu. Ọ bụ nke a mere na mgbe nwanyị mụọrọ nwa ma nwa ya enwee ebe ọ pughị ntutu n'azụ isi ya, a si na o nwere ụzọ ijere nke bụ na nne ya ñefere ijere

**Isi akwụ itiwa mgbe ọ dara n'ala**

Ọ bụrụ na e gbutuo akwụ n'elu nkwụ isi akwụ ahụ wee daa tiwaa n'ala na–emetụghị ihe ọ bụla, a na–ewere ya na ọ bụ ajọ ihe n'ezi na ụlọ o mere. Nwanyị ọ bụla nke na–atụ ime n'ezi na ụlọ ahụ agaghị ata mkpụrụ akwụ na ya ma ọ bụ rie mmanụ e mepụtara n'akwụ ahu. N'akụkụ Igbo ụfọdụ, e kwenyere na akwụ dị otu a na–eweta afọ ime ịpụ nwanyị. Iji gbochi nke a, ya bụ igbochi ọdachị a n'ebe nwanyị nọ, a na–ahapụ akwụ dị otu a ghara ibubata ya n'ezi na ụlọ.

**Nrọ**

Ndị Igbo nwere nkwenye dị iche iche na nrọ. Ụfọdụ nkwenye ndị a na–eme na ọtụtụ ndị mmadụ na–eje na dibịa wee chụọ aja dị iche mgbe ha rọchara nrọ. Ụfọdụ nrọ ndị a bụ anụ ọhịa ịchụ mmadụ ọsọ na nrọ. Ha kwenyere na onye anụ ọhịa chụrụ ọsọ na nrọ na ọ bụ ihe siri ike ga–ezuta onye ahụ. Ọ bụrụ na mmadụ ekpokọta ego na nrọ, e nwere nkwenye na onye ahụ ga–etufu ego.

**Ịchụ ọnwụ**

Ọtụtụ ebe n'ala Igbo na–achụ ọnwụ kwa afọ. Nke a bụ iji wee mechie afọ n'ihi na ha kwenyere na ọ bụrụ na emeghị nke a ajọ ọrịa na–efe efe ga–adakwasị obodo.

**Ili**

Ndị Igbo kwenyere na ọ bụrụ ili mmadụ ezeeda wụbaa n'ime, nke a gosịrị na o nwere ozi onye e liri ebe ahụ chọrọ izi ndị nwe ezi na ụlọ ahụ. A na–eje n'ebe dibịa afa chọpụta ihe mere ili ahụ jiri zee. Ọtụtụ mgbe ozi onye nwụrụ anwụ na–ezi anaghị abụ ozi obi ọma. Mana oge ụfọdụ ozi a na–abụ ozi obi ọma.

**Nnanwụrede/Nnagbụrede/Aghụrụ**

Ndị Igbo kwenyere na ọ bụrụ na nnagburede anyụọ nsị n'ọnụ ezi be mmadụ ma ọ bụ bee akwa n'ezi be mmadụ, ọ pụtara na ndị mmụọ nwere ozi ọjọọ ha chọrọ izi onye ahụ nwe ụlọ ahụ site n'aka dibịa afa.

**Oke osisi**

Ha kwenyere na arụsị nwe ndị bi n'obodo. Ọ bụrụ na osisi dị n'okwu arụsị, tụmadị oke osisi, adaa ma ọ bụ alaka ya gbajiri da, obodo dị iche iche kwenyere na nke bụ ozi nke ndị mmụọ na–ezi iji gosị na otu onye nwere agba n'obodo ga–anwụ. Nke a na–abụkarị na mpaghara ndị nwe okwu arụsị ahụ.

**Arụsị igbu mmadụ**

N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo e nwere ọtụtụ nkwenye dị iche iche n'ike arụsị. Otu nke pụtara ihe na nkwenye n'arụsị bụ na onye ọ bụla arụsị gburu agaghị enwe ezumike na be ndị mmụọ. Onye ahụ ga–esi n'ili ebe e liri ya na–apụta akpagharị na–enye ndị mmadụ nsogbu. Ọ ga na–eme nke a tutu ndị nke ya emee ihe dum arụsị sịrị ka e mee ma ọ bụ ihe dum arụsị ahụ chọrọ.

**Onye abụghị dinta igbu anụ ọkpa/oke anụ buru ibu**

N'ụfọdụ ebe n'ala Igbo e nwere nkwenye na onye abụghị dinta gbagbuo nnukwu anu ọhịa/anụ ọkpa dị ka agụ, ene/ele, atụ ma ọ bụ ọcha, ọ bụ obi onye ahụ ma ọ bụ obi

onye dị onye ahụ n'ahụ ka o gburu. Nke a pụtara na onye ahụ gburu anụ ahụ ma ọ bụ onye nke ya ga–anwụ ọnwụ ike belu sọ ma onye ahụ o mere ka dibịa afa chụọrọ ya aja mgbochi oke chi.

**Afọ otuto**

Ndị Igbo kwenyere tụmadị n'akụkụ Udi, Ọgwu, na Nsụka na ebe ọzọ ga na onye afọ toro nwụrụ anwụ mere ihe arụ ya bụ ihe ala na–asọ asọ. A naghị esi n'ọnụ ụzọ ụlọ ebupụta ozu onye ahụ; kama a na–egbuwa aja azụ ma ọ bụ akụkụ ụlọ si ebe ahụ wee buru ozu onye ahụ jee lie n'ajọ ọhịa. A na–eme otu a ka ajọ ihe dị otu ahụ ghara ichigha azụ n'ezi na ụlọ ahụ ọzọ.

N'Ọhaọzara, e nwekwara nkwenye dị iche iche gbara gharịị nke ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

**Nkwenye n'agwọ aha ya bụ aka**

Ndị Okpọsị kwenyere na aka bụ ala ha dị ndụ. N'ihi nkwenye a, ọ bụ arụ bụ itigbu aka. E nwere ike hụ aka ka ọ na–akpụgharị n'ezi na n'ụlọ dị ka anụ ụlọ. Nke a kpatara ndị Uburu ji akpọ ya 'oche ụlọ'. N'ebe dị otu a n'ala Igbo a na–enye aka nsọpụrụ na ugwu pụrụ iche mgbe ọ dị ndụ tumadị n'ọnwụ ya. Ndị Ubulu Ihejiofor na–asọpụrụ eke.

**Nkwenye n'izute ndị mmụọ n'elu–ụwa**

Ha kwenyere na mmụọ ndị nile nwụrụ anwụ bi na be Nwọjị Nwanị ndị dị na Mgbalaeze Isu, n'Ọhaozara Divishọn. N'ihi nkwenye a, igwe mmadụ na–aga na be Nwọjị Nwanị ijụta mmụọ ndị nwụrụ anwụ ihe gbara ha bụ mmadụ dị ndụ gharịị dị ka:

(i) ịchọpụta ihe butere ọnwụ mmadụ;
(ii) mgbe mmadụ na ibe ya nwere esemokwu maka akụ onye nwụrụ anwụ ha wee chọọ ịmata uche onye ahụ nwụrụ anwụ.

Ikpe ọ bụla ha biri enweghị mgbaghapụ.

**Aja ili imetụ ozu n'ahụ**

Ha kwenyere na mmadụ dị oji nwee akụkụ ahụ ya dị

ọcha, ọ na–egosị ebe aja ili metụrụ ahụ ozu onye lọrọ ya ụwa. Otu ihe ahụ kwa ka ọ na–egosị ma onye dị ọcha nwee akụkụ ahụ ya dị oji.

**Ichere akụ igba mmadụ**

Ha nwere nkwenye na ọ bụrụ na mmadụ na–eti akụ, ichere ya wee gba onye ọzọ, akụkụ ahụ onye ahụ ọ gbara ga–abụ ihe rụrụ arụ ma ọ bụrụ na onye ahụ ataghị akụ nwe ichere ahụ.

**Ibara nwata mba n'oge ọ na–eri nri**

Ha kwenyere na ịbara nwata mba n'oge ọ na–eri nri na–eme ka nwata ghara ito uto.

**Ekwurekwu nwanyị n'oge uhuruchi**

Ha nwere nkwenye na ọ bụ n'oge uhuruchi ka ụmụ mmụọ ndị na–alọ ụwa ji abanye ụmụnwanyị n'afọ wee ghọọ mmadụ. Ụmụ mmụọ ndị a na–ewere nwanyị ekwurekwu abalị oke iwe. Ya mere, ha adịghị abịakwute nwanyị dị otu a nso. Nke a nwere ike mee ka nwanyị ekwurekwu abalị ghara ịmụta nwa. Nkwenye a na–enye aka ime ka ụmụnwanyị ghara ikwu ekwurekwu n'oge uhuruchi.

**Ihe ịkarisi mmadụ ahụ na ntumadị na–enweghị ihe e ji aka a ga–asị na ọ bụ ya karisịrị ya**

E nwere nkwenye na ihe dị otu a mee, ọ na–egosị na anụ mmadụ ahụ na–ehi nwere mmerụ ahụ.

**Ịda n'akwa mmiri**

Ha nwere nkwenye na mgbe mmadụ dara ada n'elu akwa mmiri ma ọ bụ n'akụkụ ya ma ọ bụ si n'elu ya daruo na mmiri, ọkpụkpụ amalite suwa onye ahụ ngwọdọngwọ. N'ihi nkwenye dị otu a, onye ọ bụla dara ada n'akwa mmiri ga–ewere akwa ọkụkọ nwuo n'isi kụwaa ya n'elu akwa mmiri ahu iji chụ aja.

**Ụkpaka ịgba mmadụ**

Ha nwere nkwenye na onye mkpụrụ ụkpaka gbara ga–arịa ọrịa ọcha ma ọ bụ ekpenta mà ọ bụrụ na–egbutughị osisi ụkpaka ahụ.

**Amosụ**

N'ọtụtụ ebe dị iche iche n'ala Igbo, e nwere nkwenye na mmadụ nwere ike site n'amosu wee tagbuo mmadụ ibe ya.

**Igbu mmadụ site n'igbu osisi**

N'akụkụ Njịkọka, e nwere nkwenye na o nwere osisi ụfọdụ bụ e gbuo ha mmadụ anwụọ.

**Ịrụ ihe na–epu epu aka**

Nke a mee ihe a ga–agbanwụ. Ọgaghịkwa eme ọzọ.

**Mmadụ iji isi onye ọzọ gbanworo isi ya n'ọnwụ**

Ha nwere nkwenye na mmadụ nwere ike iwere onye ọzọ gbanworo isi ya n'ọnwụ.

**Akwụkwọ njụ**

N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo, e nwere nkwenye na akwụkwọ njụ jụọ mmadụ ọ gaghị amakwa ebe ọ na–aga.

N'ala Igbo ọtụtụ nkwenye ma ọ bụ okwukwe gbara gharịị ndị a ka dịkwa ruo taa. Ihe omimi nwere ike dị na ha. Ọ dị mma ka a tulee nkwenye ma ọ bụ okwukwe ndị a nile gbara gharịị ịmata otu ihe si kwụrụ n'ihi na chi agbaala.